**COURSE GUIDE**

# IGB 122
# INTRODUCTION TO GRAMMATICAL PATTERNS IN IGBO (MMALITE AMỤMAMỤ USORO ỤTỌASỤSỤ IGBO)

(NKỌWA NDỊ IGBO NA ASỤSỤ HA)

**Course Team**

Dkt. Chinweude N. Ugochukwu (Ode Ihe Ọmụmụ)
Ngalaba Igbo, Asụsụ Afrịka na nke Eshia
Mahadum Nnamdi Azikiwe Ọka, Naịjirịa -
NAU Awka Nigeria.

Prọf. Greg O. Obiamalu (Onye Òdezi Ihe Ọmụmụ)
Ngalaba Lingwistiks,
Mahadum Nnamdi Azikiwe Ọka, Naịjirịa
NAU Awka, Nigeria).

Prọf. Herbert S. Igboanụsị (Onye Nchịkwa Ihe Ọmụmụ) Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka,
Mahadum Ibadan, Naịjirịa – UI Ibadan.

**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

© 2023 by NOUN Press
National Open University of Nigeria
Headquarters
University Village
Plot 91, Cadastral Zone
Nnamdi Azikiwe Expressway
Jabi, Abuja

Lagos Office
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island, Lagos

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

All rights reserved. No part of this book may be reproduced, in any form or by any means, without permission in writing from the publisher.

Printed 2019, 2023

ISBN: 978-978-058-825-0

All Rights Reserved

**NDỊNA** **IHU AKWỤKWỌ**

Mkpọlite……………………….......................................... iv
Mbunuche Izugbe………................................................... iv
Mbunuche Kpọm kwem………………………………….. iv
Nkọwa Ihe ọmụmụ ......................................................... v
Ngwa Ihe Ọmụmụ …………..……..…………………...... v
Yunit Ihe Ọmụmụ ………………………………………...... v
Akwụkwọ Ọgụgụ na Nrụtụaka ………………….……….…..... vi
Nnwale…........................................................................ vi
Ihe Omume………………………………………………… vi
Ule na Enyemmaakị…..…………………………………..... vii
Usoro Enyemmaakị ……..……………………………...... vii
Ndịna Ihe Ọmụmụ.............................................................. vii
Ka a ga-esi Ritekarịcha uru ihe Ọmụmụ a………………….. viii
Ndị Nduzi na Nkuzi ………..…..…………………………..... ix
Nchịkọta……………………..………………………........ ix

## MKPỌLITE

IGB 122 bụ ihe ọmụmụ nwere kredit abụọ, nke a na-eme n’afọ nke mbụ n’otu agba agụmakwụkwọ simesta. E dere ya maka ụmụ akwụkwọ na-eme Igbo kpọmkwẹm. O nwere yunit ihe ọmụmụ iri abụọ, nke rụtụrụ aka n’ihe dị iche iche metụtara ụtọasụsụ Igbo n’ogo mmụta nke a. E si n’asụsụ Igbo weta atụ niile e nyere n’akwụkwọ a iji zipụta ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo na ka ha si aga n’usoro. E webatakwara atụ sitere n’asụsụ Bekee n’ebe ole na ole iji mee ka nkọwa ụfọdụ doo anya.

Nduzi ihe ọmụmụ a ga-akọwara gị ihe kọọsụ a na-ekwu maka ya, akwụkwọ dị iche iche a ga-agụ, na ka a ga-esi jiri ha rụọ ọrụ. Ọ ga-ekwu oge ole Yunit Amụmamụ ọ bụla nwere ike iwe na ka a ga-esi mee ihe omume so ya. Ọ dị mkpa na a ga na-aga klasị ka nwata akwụkwọ na ndị nkụzi ya nwee ike kparịta gbasara ihe nhịamahụ nwere ike ịdapụta n’ihe ọmụmụ a.

## MBUNUCHE IZUGBE

E mebere kọọsụ a iji dubanye ụmụ akwụkwọ na mmalite amụmamụ usoro ụtọasụsụ dị ka o si metụta asụsụ Igbo. Ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ a na-atụ anya ha bụ:

a. idubanye gị n’ọmụmụ usoro ụtọasụsụ dị ka otu n’ime ngalaba asụsụ Igbo
b. ịkọwa ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo na ụdị ha dị iche iche.
c. izipụta nkejiasụsụ dị iche iche asụsụ Igbo hibere isi na ha.
d. ịkọwara gị nkeji asụsụ nke ọ bụla na njirimara ha n’asụsụ Igbo
e. izipụta usoro okwu dị iche iche e nwere n’Igbo na ọmụmaatụ ha dị iche iche.

## MBUNUCHE KPỌM KWEM

Yunit ihe ọmụmụ niile dị n’akwụkwọ a nwechara ebumnobi ha. O kwesịrị ka nwata akwụkwọ gụọ ebumnobi unit ọ bụla tupu a malite ileba anya na nkụzi e nwere n’okpuru ya. Olile anya bụ na a gbasoo usoro a bido n’isi ruo na ngwụcha kọọsụ a, na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa ihe ụtọasụsụ Igbo pụtara
b. ịkọwa ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo
c. ịtụle nkeji asụsụ dị iche iche nke ụtọasụsụ Igbo hibere isi na ha
d. ịkọwa na imebe usoro okwu dị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo

## NKỌWA IHE ỌMỤMỤ

Iji mee ihe ọmụmụ a nke ọma ma meruo ya n'isi, ọ dị mkpa na nwata akwụkwọ gụrụ yunit ọ bụla, gụọ akwụkwọ ọgụgụ a tụpụtara, nakwa akwụkwọ ndị ọzọ NOUN wepụtara. Nkeji ọ bụla nwere ihe omume nke onwe so ya. N'agbata dị iche iche n'ihe ọmụmụ a, a tụrụ anya na a ga-ezute ihe omume ndị ahụ e mere maka ntụle. Ọ ga-ewe ihe dị ka izu ụka iri abụọ na otu iji mecha ihe ọmụmụ a. Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, e nwere ule mmechi. E depụtara ihe niile gbasara ihe ọmụmụ a n'ebe a. Ị ga-ewepụta oge gụọ nkeji ọ bụla nke ọma ka I nwee ike mee ihe ọmụmụ a ọfụma ma mechaa ya n'oge.

## NGWA IHE ỌMỤMỤ

Ihe ndị ya na ihe ọmụmụ a so gụnyere:

1. Yunit ihe ọmụmụ
2. Akwụkwọ ọgụgụ ga
3. Oge nzipụta ihe amụtarala

## YUNIT IHE ỌMỤMỤ A NWERE

E nwere Yunit ihe ọmụmụ iri na asatọ dị ka e si depụta ha ebe a:

**Modul 1: Ụtọasụsụ Igbo**

Yunit1: Gini bụ Ụtọasụsụ?
Yunit 2: Mmebere Ụtọasụsụ

**Modul 2: Nkeji Asụsụ**

Yunit 1: Nkọwa Nkeji Asụsụ
Yunit 2: Mkpọaha
Yunit 3: Nnọchiaha
Yunit 4: Ọnụọgụgụ
Yunit 5: Nkọwa

**Modul 3: Ngwaa**

Yunit 1: Ngwaa na Ngalaba ya
Yunit 2: Ụdị Ngwaa
Yunit 3: Nsinangwaa
Yunit 4: Nkwuwa

**Modul 4: Mgbakwụnye, Nsọkwụnye, Mbuụzọ na Njikọ**

Yunit 1: Mgbakwụnye
Yunit 2: Nsọkwụnye
Yunit 3: Mbuụzọ
Yunit 4: Njikọ

**Modul 5: Usoro Okwu**

Yunit 1: Nkebi okwu
Yunit 2: Nkebi ahịrị
Yunit 3: Ahịrị okwu

Modul 1 ga-edubanye gị n'amụmamụ ụtọasụsụ Igbo na ihe ndị mebere ya. Modul 2 lebara anya na nkeji asụsụ mkpọaha na ngalaba ya na kwa nkeji asụsụ nkọwa. Modul 3 na-akọwa ngwaa, ngalaba ya, ụdị ya, nsinangwaa na nkwuwa. Modul 4 na-akọwa nkejiasụsụ mgbakwụnye, nsọkwụnye, mbuụzọ na njikọ. Modul 5 kọwara usoro okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. E nwere yunit iri na asatọ n'ihe ọmụmụ a. Yunit ọ bụla nwere ihe ọmụmụ a ga-amụ n'otu izu. Ọ gụnyere ebumnobi nkụzi, ntụzi aka ihe ọmụmụ, akwụkwọ ọgụgụ, ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi ga-amaakị. Ihe ndị a niile na-enye aka n'imejupụta ebumnobi yunit ọ bụla na kwa nke kọọsụ a.

## AKWỤKWỌ ỌGỤGỤ NA NRỤTỤAKA

Ngwa nkụzi a bụ akwụkwọ kachasị mkpa n'ihe ọmụmụ a, mana i nwere ike ịgụ akwụkwo nrụtụaka e depụtara n'ebe a iji gụmi ihe ọmụmụ a nke ọma.

### NNWALE

E kewara nnwale a ga-eme n'ihe ọmụmụ a ụzọ abụọ: ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ule odide. Oge a na-eme ihe omume ndị a, a tụrụ anya na a ga-etinye ihe niile a mụtara n'ihe ọmụmụa n'ọrụ. Nwata akwụkwọ ga-ezigara onye nkụzi kọọsụ a ihe omume niile o mere maka nlele etu oge ihe ọmụmụ a na kwa faịlụ ihe omume si kwu. Ihe omume nlele ga-ebu pasent iri atọ (30%) n'ime pasent 100% ihe ọmụmụ a.

### IHE OMUME

E nwere ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ngwụcha yunit ọ bụla. A tụrụ anya na nwata akwụkwọ ga-eme nke ọ bụla n'ime ha. Onye nkụzi ga-amaakị ha niile ma họrọ maakị atọ ọ bụla kachasị mma iji nweta maakị nnwale ngawanye. Ihe omume nke ọ bụla n'ime ha bu pasent iri (10%).

Nwata akwụkwọ mechaa ihe omume ọ bụla, ọ ga-ewere ya na fọọm ihe omume zigara ha onye nkụzi. Ọ ga-agba mbọ hụ na ha ruru onye nkụzi aka tupu oge e nyere maka nke a agafee. Ka o sila dị, ọ bụrụ na o nwere ihe ga-eme na ị gaghị enwe ike imecha ihe omume a tupu oge e nyere eruo, ị ga-akpọtụrụ onye nkụzi gị rịọ ya ka o nyetụkwuo gị obere oge.
A gaghị enye nwata akwụkwọ oge ọ bụla ma ọ bụrụ na oge e nyere maka iziga ihe omume agafechaala, belụ sọ n'ọnọdụ ajọ ọdachi.

## ULE NA ENYEMMAAKỊ

Ule ikpeazụ maka IGB 122 ga-ewe áwà abụọ nke ga-ebu pasent iri asaa (70%) n'ime maakị ihe ọmụmụ niile. Ule ikpeazụ ga-adịkwa ka ajụjụ e zutere n'ihe omume dị iche iche e merela. A ga-anwale nwata akwụkwọ n'ihe niile a kụziiri ya n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-agba mbọ hụ na o ji oge e nwere n'agbata mmecha nkụzi ikpeazụ na ule gụgharịa ihe niile e mere n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-abakwara ya uru ma ọ gụgharịa ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi nyere tupu ule eruo.

## USORO ENYEM MAAKỊ

Tebul na-esote na-egosi etu a ga-esi nye maakị n'ihe ọmụmụ a.

| **Nnwale** | **Maakị** |
|---|---|
| **Ihe omume 1-4: maakị n'ime atọ kachasị mma =(10% ụ 3)** | **30%** |
| **Ule ikpeazụ** | **70%** |
| **Mgbakọ** | **100%** |

## NDỊNA N'IHE ỌMỤMỤ A

| **Yunit** | **Isi okwu** | **Emereme kwa izu** | **Ihe omume** |
|---|---|---|---|
| | Nduzi kọọsụ | 1 | |
| **Modul 1** | | | |
| 1 | Gịnị bụ ụtọasụsụ? | 2 | |
| 2 | Mmebere ụtọasụsụ | 3 | **Ihe omume 1** |
| **Modul 2** | | | |
| 1 | Nkọwa nkeji asụsụ | 4 | |
| 2 | Mkpọaha | 5 | **Ihe omume 3** |
| 3 | Nnọchiaha | 7 | |
| 4 | Ọnụ ọgụgụ | 8 | |
| 5 | Nkọwa | 9 | |
| **Modul 3** | | | |
| 1 | Ngwaa na ngalaba ya | 10 | |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 2 | Ụdị ngwaa | 11 | |
| 3 | Nsinangwaa | 12 | **Ihe omume 4** |
| 4 | Nkwuwa | 13 | |
| **Modul 4** | | | |
| 1 | Mgbakwụnye | 14 | |
| 2 | Nsọkwụnye | 15 | |
| 3 | Mbuụzọ | 16 | |
| 4 | Njikọ | 17 | |
| **Modul 5** | | | |
| 1 | Nkebi okwu | 18 | **Ihe omume** |
| 2 | Nkebi ahịrị | 19 | |
| 3 | Ahịrị okwu | 20 | |
| | Nkụzigharị | 21 | |
| | Ule | 22 | |
| | **Mgbakọ** | 22 | |


## KA A GA-ESI RITEKARỊCHA URU IHE ỌMỤMỤ A

N'ụdị agụmakwụkwọ oteaka a, yunit nkụzi na-anọchi anya onye nkụzi mahadum. Uru nke a bara bụ na ọ na-eme ka e nwee ike gụọ ma mee ihe omume dị na ngwa nkụzi etu o si masị onye, n'ebe na oge o ji chọọ. Ya ka o ji dị mkpa na nwata akwụkwọ hụtara nke a dị ka ịgụ ihe nkụzi karịa ige onye nkụzi na klasị. Etu onye nkụzi ga-esi nye nwata akwụkwọ ihe omume na klasị ka Yunit Amụmamụ a si nye gị ihe omume ị ga-eme n'ebe o kwesịrị.

A haziri yunit niile n'otu usoro. Isi nke mbụ na yunit ọ bụla bụ mkpọlite n'isiokwu a ga-akụzi na yunit ahụ, na etu yunit ahụ si metụta nkeji nkụzi ndị ọzọ. Nke na-eso ya bụ mbunuche nkụzi. Nke a na-akọwa ihe e kwesiri ịma mà e mechaa ihe ọmụmụ. Ọ dị mkpa ka nwata akwụkwọ na-atụle ntụzi aka na mbunuche ndị a mgbe ọ na-agụ akwụkwọ a. Ị gụchaa yunit ọ bụla, I kwesiri ịtụle ma I mejupụtara mbunuche ndị ahụ ma ọ bụ na Ị mejupụtaghị ha. Ọ bụrụ na I na-eme etu a kwa mgbe, I ga-eme ọfụma n'ihe ọmụmụ a.

E nwere nnwale onwe na ngwụcha yunit ọ bụla; ụsa ha dịkwa n'ime ihe ọmụmụ ọ bụla. Ime ihe omume ndị a ga-enyere nwata akwụkwọ aka imejupụta ebumnobi yunit ọ bụla ma kwado gị maka ihe omume n'ule ga-eso ya. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ mee ihe omume ọ bụla n'oge kwesịrị na yunit ọ bụla. E nwechara atụ e nyere na yunit ọ bụla; I kwesịrị ịtụle ha ma ị rụkwute ha.

## NDỊ NKỤZI/NDUZI NA ỌMỤMỤ AKWỤKWỌ

E wepụtara awa asatọ maka ịkụzi ihe ọmụmụ a. A ga-agwa nwata akwụkwọ ụbọchị, oge na ebe a ga-eme nke a tinyere aha na akara ekwe-ntị onye nkụzi. A ga-eme nke a ozigbo e tinyere gị n'òtù nkụzi.

Onye nkụzi ga-amaakị ma dee gbasara ihe omume niile ụmụ akwụkwọ mere; ọ ga-etinye uchu n'ịma ma ha na-aga n'ihu ma ha na-ada ada, ka ha na-enwe nhịamahụ iji hụ na o nyeere ha aka n'ebe kwesịrị mgbe oge nkụzi ihe ọmụmụ na-aga n'ihu. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ hụ na o zijeere onye nkụzi ihe omume nke o mere tupu oge e nyere agafee. Ọ ga-amaakị ya ma zighachitere ya ya n'oge n'adịghị anya.

Nwata akwụkwọ kwesịrị ịkpọtụrụ onye nkụzi ya n'ekwe-ntị ma ọ bụ na 'e-mail' ma ọ bụrụ na ọ chọọ enyemaka. ị kwesịkwara ịkpọtụrụ onye nkụzi gị ma ọ bụrụ na:

- ị ghọtaghị akụkụ ihe ọmụmụ, yunit ma ọ bụ ihe ndị e nyere gị gụọ.
- ihe omume nnwale onwe na-enye gị nsogbu.
- I nwere ajụjụ ma ọ bụ na ihe omume na-enye ya nsogbu
- Ihe onye nkụzi gị kwuru banyere ihe omume ma ọ bụ banyere maakị e nyere gị n'ihe omume gị edoghị gị anya.

Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ gaa ọgbakọ nkụzi ga. Ọ bụ naanị ohere ahụ ka o nwere ịhụ ndị nkụzi ya ihu na ihu ma jụọ ajụjụ ndị a ga-aza ya ozigbo. Ha nwere ike ikwu maka nsogbu ọ bụla ọ na-enwe gbasara ihe ọmụmụ ya. Iji rite elele na nkụzi a, ị kwesịrị idetu ajụjụ niile I nwere tupu I jebe klas. Ị ga-erite nnukwu uru ma I sonye na nkụzi n'uju.

## NCHỊKỌTA

E mere IGB 122 ka ọ kwadobe gị maka ịtụle usoro ụtọasụsụ nke asụsụ Igbo. Mgbe ị ga-emecha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike kọwaa ụtọasụsụ Igbo na kwa ihe ndị mebere ya. Ị ga-amata nkeji asụsụ ndị pụtara ìhè n'ụtọasụsụ Igbo. Ị ga-amata usoro okwu ndị asụsụ Igbo nabatara, nkenụụdị ha na njirimara ha.

E kwenyere m na ihe ọmụmụ a ga-enye gị obi ụtọ na afọ ojuju. Atụkwara m anya na ị ga-eme nke ọma n'ihe ọmụmụ a. Ndeewo!

MAIN COURSE

CONTENT | PAGE


| | | |
|---|---|---|
| **Modul 1** | **Ụtọasụsụ Igbo……………………………….** | **1** |
| Yunit 1 | Gini bụ Ụtọasụsụ?....................................... | 1 |
| Yunit 2 | Mmebere Ụtọasụsụ………………………….. | 4 |
| **Modul 2** | **Nkeji Asụsụ………………………………….** | **9** |
| Yunit 1 | Nkọwa Nkeji Asụsụ………………………… | 9 |
| Yunit 2 | Mkpọaha……………………………………. | 12 |
| Yunit 3 | Nnọchiaha…………………………………... | 16 |
| Yunit 4 | Ọnụọgụgụ…………………………………... | 20 |
| Yunit 5 | Nkọwa………………………………………. | 24 |
| **Modul 3** | **Ngwaa………………………………………** | **28** |
| Yunit 1 | Ngwaa na Ngalaba ya……………………… | 28 |
| Yunit 2 | Nkenụụdị Ngwaa…………………….…. | 34 |
| Yunit 3 | Nkwuwa……………………………………. | 39 |
| **Modul 4** | **Mgbakwụnye, Nsọkwụnye, Mbuụzọ na Njikọ…………………………………….** | **42** |
| Yunit 1 | Mgbakwụnye………………………………. | 42 |
| Yunit 2 | Nsọkwụnye………………………………… | 46 |
| Yunit 3 | Mbuụzọ…………………………………….. | 51 |
| Yunit 4 | Njikọ……………………………………….. | 55 |
| **Modul 5** | **Usoro Okwu……………………………….** | **58** |
| Yunit 1 | Nkebi okwu………………………………... | 58 |
| Yunit 2 | Nkebi ahịrị…………………………………. | 62 |
| Yunit 3 | Ahịrị okwu………………………………… | 67 |

# MODUL 1 ỤTỌASỤSỤ IGBO

Na modul a, ị ga-amụ maka ụtọasụsụ Igbo. ị ga-aghọta ihe bụ ụtọasụsụ nakwa otu ụtọasụsụ si dị.
Modul a nwere yunit abụọ.

Yunit 1 Gịnị bụ Ụtọasụsụ?
Yunit 2 Mmebere Ụtọasụsụ

## YUNIT 1 GỊNỊ BỤ ỤTỌASỤSỤ?

### Ndịna

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwem
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

### 1.1 Mkpọlite

Asụsụ, dị ka ụzọ pụrụ iche mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta nwere usoro ọ na-agbaso iji rụọ ọrụ ya nke ọma. Asụsụ nwere usoro o si arụ ọrụ nke mere na mmadụ na-eji ya ezipụta ebumnobi ya n'ụzọ onye ọzọ ga-aghọta nke ọma. Na yunit a, a ga-akọwa ụtọasụsụ Igbo na ihe ndị mejuputara ya.

### 1.2 Mbunuche

Na njedebe nkeji a, ị ga-amụta:

- ihe bụ ụtọasụsụ
- ụfọdụ nkọwa banyere ụtọasụsụ
- nkọwa ụtọasụsụ nke metụtara ihe ọmụmụ a

### 1.3 Ndịna Kpọm kwem

Ọtụtụ ndị ọkammụta akọwaala ụtọasụsụ n'ụzọ dị iche iche. A ga-eleba ụfọdụ n'ime nkọwa ndị a anya ma gbadozie ụkwụ na nkọwa nke metụtakarịrị ihe ọmụmụ a. A na-ahụta ụtọasụsụ dị ka nchịkọta usoro iwu dị iche iche na-ezipụta ndokọ okwu dabara adaba n'asụsụ. Nke a metụtara iwu di iche iche nke a na-agbaso iji mepụta ahịrị okwu/usoro okwu dabara adaba ma ọ bụ nke asụsụ nabatara. Ur (1988:4) kọwara na

ụtọasụsụ metụtara ụzọ dị iche iche otu asụsụ si edokọ mkpụrụ okwu ma ọ bụ irighiri okwu iji mepụta usoro okwu dị ogologo ma nwee nghọta.

N'ọmụmụ sayensị asụsụ, a na-akọwa ụtọasụsụ dị ka nghọta/amamihe dị n'ụbụrụ onye na-asụ asụsụ banyere asụsụ ya. Nke a metụtara ihe niile ọsụ asụsụ maara banyere asụsụ nne ya nke na-enyere ya aka imepụta ahịrị okwu dabara adaba n'asụsụ ya tinyere ịmepụta ahịrịokwu nke a nụbeghị na mbụ. Ụdị nghọta a ka ndị ọkaasụsụ n'ụzọ ọgbara ọhụụ kpọrọ 'mma mmụta asụsụ' nke dị iche n'ihe gbasara ịsụ asụsụ n'onwe ya. Nkọwa a na-egosi na mmadụ (onye na-asụ asụsụ nne ya) nwere ike inwe nghọta/amamihe zuru oke banyere otu asụsụ ahụ mana ghara ịna eme nke ọma n'ihe gbasara ịsụ asụsụ ahụ asụ ma ọ bụ n'ide ya ede. Ya bụ na ịmara asụsụ n'ụbụrụ mmadụ dị iche n'iji asụsụ ahụ rụọ ọrụ. Nghọta ma ọ bụ amamihe niile mmadụ nwere banyere asụsụ ya ka e nwere ike ịkpọ ụtọasụsụ ebe ịsụ asụsụ asụ ma ọ bụ iji ya rụọ ọrụ nwere ike daba ma ọ bụ ghara ịdaba dị ka iwu na-achịkwa asụsụ ahụ siri dị.

Na nchịkọta dị ka Eyisi (2004) si mee ka o doo anya; ụtọasụsụ metụtara ihe niile mmadụ maara banyere asụsụ ya. Ọ kwadoro nkọwa ụtọasụsụ dị ka nke gbasara ihe niile mmadụ maara banyere usoro ndokọ mkpụrụ ụdaasụsụ iji mepụta mkpụrụ okwu, usoro ndokọ mkpụrụ okwu iji mepụta ahịrị okwu n'ogo dị iche iche, nghọta mkpụrụ okwu na ndokọ okwu tinyere iwebata ahịrị okwu dabara n'ọnọdụ ọ bụla. Ya bụ na mmadụ ịmara ụtọasụsụ nke asụsụ ọ bụla pụtara ịmara ihe niile banyere otu e si edokọ mkpụrụ okwu n'ogo dị iche iche, iji mepụta usoro okwu dabara adaba ma nwekwaa nghọta n'asụsụ ahụ. Nkọwa a gosiri na mmadụ ịmara ụtọasụsụ nke asụsụ ọ bụla pụtara onye ahụ ịmara ihe niile banyere asụsụ ahụ nke pụtara na ụtọasụsụ metụtara ihe niile banyere asụsụ.

Ihe ọmụmụ a metụtara ihe niile banyere iwu na-achịkwa asụsụ Igbo dị ka o si metụta mmebe mkpụrụ asụsụ, mkpụrụ okwu, ahịrị okwu n'usoro asụsụ Igbo nabatara. Ọ bụ ihe doro anya na o nweghị asụsụ ya na ibe ya bụ otu, ya bụ na ịmụ ụtọasụsụ Igbo pụtara ileba anya n'ihe ndị ahụ dị mkpa maka ịsụ na ịde asụsụ Igbo dị ka o si kwesị. Nke a gosiri na ụtọasụsụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ ọ bụla. Ya bụ na onye amaghị ụtọasụsụ Igbo nke ọma agaghị na-eme nke ọma n'ịsụ na ịde Igbo.

**Nnwale Onwe**

- Chọpụta nkọwa ụtọasụsụ ndị ọzọ e webataghị n'akwụkwọ a.

## 1.4 Mmechi

A kọwara ụtọasụsụ dị ka iwu dị iche iche a na-agbaso iji mepụta usorookwu dị iche iche dị ka asụsụ nabatara. E mere ka a ghọta na n'ọmụmụ sayensị asụsụ na a kọwara ụtọasụsụ dị ka nghọta ma ọ bụ amamihe dị n'ụbụrụ mmadụ banyere asụsụ ya nke na-enyere ya aka imepụta ụdị usoro okwu dị iche iche n'asụsụ nne ya tinyere ụdị usoro okwu a nụbeghị na mbụ. A kọwazịrị ụtọasụsụ Igbo dị ka ihe niile gbasara ịsụ na ide asụsụ Igbo dị ka o si kwesị. Nke a pụtara na ịmara asụsụ Igbo pụtara ihe niile banyere iwu dị iche iche na-achị asụsụ Igbo na itinye ha n'ọrụ dị ka o kwesịrị.

## 1.5 Nchịkọta

Na nkeji a, a kọwara ihe bụ ụtọasụsụ n'izugbe site n'imetụ aka na nkọwa ole na ole ndị ọkammụta ụfọdụ nyere banyere ụtọasụsụ. E nyeziri nkọwa banyere ụtọasụsụ Igbo dị ka inwe amamihe gbasara iwu na-achịkwa asụsụ Igbo dị ka o si metụta ịsụ na ide asụsụ Igbo nke ọma.

**Ihe Omume Onye Nkuzi ga-amaakị**

**1.** Gịnị bụ ụtọasụsụ ?
2. Nye nkọwa atọ dị iche iche gbasara ụtọasụsụ nke e webataghị na nkuzi a?
3. Olee ihe dị iche n'etiti ụtọasụsụ Igbo na ụtọasụsụ asụsụ ndị ọzọ?
4. Gịnị bụ "mma mmụta asụsụ"?

## 1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Eyisi, J. (2004). *A Grammar of English: The Students Companion*. Awka: Arthony Publishers.

Klammer, T. P., Schultz, M. R., & Volpe, A. D. (2000). *Analyzing English Grammar* (6th edition). London: Pearson Education.

Ur, P. (1988). *Grammar Practice Activities: A Practice Guide for Teachers*. Cambridge: Cambridge University Press.

Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

Chọpụta nkọwa ụtọasụsụ ndị ọzọ e webataghị n'akwụkwọ a.

Ụtoasụsụ bụ iwu ndị ahụ na-achịkwa ụda, mkpụrụokwu, ahịrịokwu, na ihe ndị ọzọ dị n'asụsụ tinyekwara etu e si eji ha emebe okwu na mpụtara ha.
https://www.britannica.com
Ụtọasụsụ bụ usoro iwu ndị na-enye aka na mmebe ahịrịokwu.
https://writer.com

# YUNIT 2 MMEBERE ỤTỌASỤSỤ

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwem
 2.3.1 Nkọwa Mkpụrụ asụsụ
 2.3.2 Njirimara Mkpụrụ asụsụ
 2.3.3 Njirimara Mkpụrụ okwu
 2.3.4 Ndịna Mkpụrụ asụsụ
 2.3.5 Nkenụụdị Mkpụrụ asụsụ
2.4 Mmechi
2.5 Nchịkọta
2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

### 2.1 Mkpọlite

Ụtọasụsụ metụtara ihe dị iche iche mejuputara asụsụ. N'asụsụ ọ bụla, o nwere ihe ndị na-abịakọta ọnụ iji mee ka asụsụ dị ire**.** Otu njirimara asụsụ bụ na ọ na-enwe ụdaasụsụ nke a na-eji mkpụrụ edemede ma ọ bụ mkpụrụ ụdaasụsụ anọchite. Site n'idokọ mkpụrụ ụdasụsụ, a na-emepụta mkpụrụ asụsụ nke a na-akpọkwa mofịm na Bekee.

### 2.2 Mbunuche

Na njedebe ihe omụmụ a,

- Ị ga-amata ihe ndị mebere ụtọasụsụ
- Ị ga-enwekwa ike ịkọwa ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo n'otu n'otu

### 2.3 Ndịna Kpọm kwem

### 2.3.1 Gịnị bụ Mkpụrụ Asụsụ?

Mkpụrụ asụsụ bụ irighiri asụsụ pekarịchara na mpe ndị na-abata mgbe a na-asụ asụsụ ma nye nghọta. Ebe ọ bụ ihe pekarịchara mpe n'asụsụ, ọ na-egosi na mgbe ọ bụla e keriri ya gaa n'ihu, ọ gaghịzị aba uru ọzọ ma ọ bụ nye nghọta n'asụsụ ahụ. Ọ bụ irighiri asụsụ na-atapado na mkpụrụ okwu iji nye ya ọdịdị dị iche iche ma ọ bụ nghọta dị iche iche. N'ọmụmụ sayensị asụsụ, ọ bụ mkpụrụ asụsụ ka a na-elekwasị anya n'ọdịdị ụtọasụsụ. Ya mere ebe mkpụrụ okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ya ma nye nghọta zuru oke, e nwekwara irighiri asụsụ ndị ọ bụ ezie na ha agaghị enwe ike ịkwụrụ onwe ha mana ha nwere nghọta nke ha na-

etinyeso na mkpụrụ okwu ndị nke tozuru ịkwụrụ onwe ha. Ụzọ irighiri asụsụ abụọ ndị a bụcha mkpụrụ asụsụ kama ọkwa ha dị iche iche.

### 2.3.2 Njirimara Mkpụrụ asụsụ

1. Mkpụrụ asụsụ nwere ike ịbụ mkpụrụ okwu ma ọ bụ irighiri okwu n'ime mkpụrụ okwu.
   Ịma atụ: ewu, eze, ji, nri bụcha mkpụrụ okwu,
   ị/ta, i/si, e/ri – ndị a bụcha mkpụrụ okwu n'otu n'otu, ma e leruo nke ọ bụla anya, a ga-ahụ mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu mebere nke ọ bụla.
2. E nwere ike ịhụ mkpụrụ asụsụ nnọrọonwe n'ime nkọwaokwu mana ọ dịghị etu ahụ maka mkpụrụ asụsụ ndabe.
   Ịma atụ: ụlọ, isi, aka, ewu bụcha mkpụrụ okwu dị na nkọwaokwu ma lee mkpụrụ asụsụ ndị a: ị/gba, i/je, ị/ta ri/e, pụ/ọ
   A gaghị ahụ ị, e, o, n'ime nkọwaokwu n'ụdị e nwere ike itinye ya ezigbo nkọwa, mana n'ime mkpụrụ okwu ha nọ, ha na-arụ ọrụ nganihu na nsonaazụ.

3. Mkpụrụ asụsụ nwere ike bụrụ isingwaa nwere ike ịnabata ịrịghiriokwu n'ihu ma ọ bụ n'azụ. Nke a pụtara na ọ bụ naanị mkpụrụ asụsụ si na ngwaa na-enwe mkpụrụ asụsụ ndabe nke nwere ike dị n'ihu ma ọ bụ n'azụ. O nwekwara ike dị n'etiti.

**Nnwale Onwe**

- Kọwaa ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo
- Depụta njirimara mkpụrụ asụsụ atọ na ọmụmaatụ ha.

### 2.3.3 Njirimara Mkpụrụ Okwu

1. Otu mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ karịa nwere ike mebe mkpụrụ okwu.
   Ịma atụ: "eriela" bụ otu mkpụrụ okwu ma nwee mkpụrụ asụsụ anọ e/ri/e/la.
2. Mkpụrụ okwu niile nwere nghọta ma na-anọrọ onwe ha.
3. Ezi mkpụrụ okwu Igbo na-agbaso iwu nsupe asụsụ Igbo.
4. Ọ ga-agbaso ezi ndakọrịta ụdaume na ndagba myiriụdaume.
5. E nwere ike ikewa mkpụrụ okwu n'ụzọ dị iche iche iji mepụta mkpụrụ asụsụ.
   Ịma atụ – a/bịa/la,

   e/si/te
   ba/ta/ra

### 2.3.4 Ndịna Mkpụrụ asụsụ

Site n'ileba anya na mkpụrụ okwu na nkeji okwu dị ya, otu mkpụrụ asụsụ nwere ike ịbụ:

1. Otu ụdaume – o, ọ, i, ị e, a (mgbe ha na-arụ ọrụ dị ka nnọchiaha, ma ọ bụ ụdị mgbakwụnye ndị ọzọ).
2. Otu myiriụdaume 'm' na 'n'
3. Otu mgbochiume – 'm',
4. Mkpụrụ asụsụ nwere ike ịbụ otu nkeji okwu – ji, di, ri, ta.
5. Mkpụrụ asụsụ nwere ike nwee nkeji okwu abụọ ma ọ bụ karịa e/si/ri, a/ta/ra, e/si/e/la

### 2.3.5 Nkenụụdi Mkpụrụ Asụsụ

Site n'akparamagwa ha n'ihe gbasara ịkwụrụ onwe ha na ịtapado n'ahụ okwu ọzọ, a ga-eke mkpụrụ asụsụ ndị dị n'asụsụ Igbo ụzọ abụọ:

1. Mkpụrụ Asụsụ Nnọrọonwe: Ndị a bụ irighiri okwu ga-akwụ naanị ya ma nye nghọta zuru oke. Ọ na-abụ mkpụrụ okwu nke e nwere ike ịhụ mpụtara ya na nkọwaokwu. O nwere ike inwe nkeji okwu dị iche iche

i. Otu – chi, si, dị dgz.
ii. Abụọ – a/ka, ọ/nụ, a/gba dgz.
iii. Atọ – e/fe/re, a/kwụ/kwọ dgz.
iv. Anọ – n/ta/kị/rị
v. Ise – ụ/kụ/rụ/bụ/ba, a/ma/m/i/he

2. Mkpụrụ Asụsụ Ndabe/Ntado: bụ irighiri okwu ndị ahụ agaghị enwe ike ịkwụrụ onwe ha ma nye nghọta zuru oke. Ọ ga-adabere n'okwu ọzọ ka nghọta ya wee pụta ihe nke ọma ma site n'ụzọ dị otu a tinyesoo nghọta na mkpụrụ okwu ahụ. N'ihi ya mkpụrụ asụsụ ndabe bụ nke nghọta ya na mpụtara ya dị n'ime (ụtọasụsụ) n'abụghị na nkọwaokwu.

   Mkpụrụ asụsụ ndabe nwere ike ịbụ otu mkpụrụ edemede – ụdaume – o, ọ, i, ị, e, a, ma ọ bụ mgbochiume – m, n, r, ta, d, mkpụrụ asụsụ ndabe niile na-arụ ọrụ mgbakwụnye. Ọrụ ya dị ka mgbakwụnye na-apụta ìhè n'ụdị ndị a:

   (i) Nganihu
   (ii) Nnonetiti
   (iii) Nsonazụ. A ga-eleba ndị a anya nke ọma tupu a chịkọta ihe ọmụmụ a.

## 2.4 Mmechi

Na nkeji a, e lebara anya n'ihe ndị mebere ụtọasụsụ. Ọ bụ site na mkpụrụ ụdaasụsụ nke e ji mkpụrụ edemede eziputa ka e si emepụta mkpụrụ asụsụ nke bụ irighiri asụsụ pekarịsịrị mpe nke nwere nghọta. Mkpụrụ asụsụ dị n'ụdị abụọ: ndị na-anọrọ onwe ha na ndị ndabe. Mkpụrụ asụsụ ndị na-anọrọ onwe ha ka a na-akpọkwa mkpụrụ okwu ebe ndị ndabe bụzị ha bụ mkpụrụ asụsụ n'onwe ha. A kọwazịrị nke ọ bụla n'ime ha ma nyekwa njirimara na ihe ndi mebere nke ọ bụla.

## 2.5 Nchịkọta

Mkpụrụ asụsụ bụ irighiri asụsụ pekarịsịrị mpe n'ụtọasụsụ nke nwere nghọta ọ na-ezipụta. Mkpụrụ asụsụ ọ bụla nwere ike ịkwụrụ onwe ya nwee nghọta ka a na-akpọ mkpụrụ asụsụ nnọrọonwe ma ọ bụ mkpụrụ okwu, ebe mkpụrụ asụsụ ndị enweghị ike ịkwụrụ onwe ha ka a na-akpọ mkpụrụ asụsụ ndabe. Mkpụrụ asụsụ ndabe nwere ngalaba ya dị iche iche dị ka e metụrụ aka n'elu.

**Ihe Omume Onye Nkuzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ mkpụrụ asụsụ?
2. Mkpụrụ okwu niile bụ mkpụrụ asụsụ mana ọ bụghị mkpụrụ asụsụ niile bụ mkpụrụ okwu. Kọwaa ahịrịokwu a nke ọma.
3. Jiri atụ dabara adaba kọwaa ụdị mkpụrụ asụsụ e nwere.

## 2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Kọwaa ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo
  Ihe ndị mebere ụtọasụsụ Igbo bụ mkpụrụ asụsụ. Mkpụrụ asụsụ bụ irighiri asụsụ pekarịchara na mpe ndị na-abata mgbe a na-asụ asụsụ ma nye nghọta.
- Depụta njirimara mkpụrụ asụsụ atọ na ọmụmaatụ ha.

i. Mkpụrụ asụsụ nwere ike ịbụ mkpụrụ okwu ma ọ bụ irighiri okwu n'ime mkpụrụ okwu.
Ịma atụ: ewu, eze, ji, nri bụcha mkpụrụ okwu,
ị/ta, i/si, e/ri – ndị a bụcha mkpụrụ okwu n'otu n'otu, ma e leruo nke ọ bụla anya, a ga-ahụ mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu mebere nke ọ bụla.

ii. E nwere ike ịhụ mkpụrụ asụsụ nnọrọonwe n'ime nkọwaokwu mana ọ dịghị etu ahụ maka mkpụrụ asụsụ ndabe.

Ịma atụ: ụlọ, isi, aka, ewu bụcha mkpụrụ okwu dị na nkọwaokwu ma lee mkpụrụ asụsụ ndị a: ị/gba, i/je, ị/ta ri/e, pụ/ọ

A gaghị ahụ ị, e, o, n'ime nkọwaokwu n'ụdị e nwere ike itinye ya ezigbo nkọwa, mana n'ime mkpụrụ okwu ha nọ, ha na-arụ ọrụ nganihu na nsonaazụ.

iii. Mkpụrụ asụsụ nwere ike bụrụ isingwaa nwere ike ịnabata ịrịghiriokwu n'ihu ma ọ bụ n'azụ. Nke a pụtara na ọ bụ naanị mkpụrụ asụsụ si na ngwaa na-enwe mkpụrụ asụsụ ndabe nke nwere ike dị n'ihu ma ọ bụ n'azụ. O nwekwara ike dị n'etiti.

# MODUL 2 NKEJI ASỤSỤ

Na modul nke mbụ, ị mụrụ ihe gbasaara ụtọasụsụ na mmebere ya. Na modul nke a, ị ga-ahu etu esi kewagasị okwu Igbo na nkeji di iche iche. Ọ bụ nkewagasị a ka a na-akpọ nkejiasụsụ. E nwere yunit ise na modul a

Yunit 1 Nkọwa Nkeji Asụsụ
Yunit 2 Mkpọaha
Yunit 3 Nnọchiaha
Yunit 4 Ọnụọgụgụ
Yunit 5 Nkọwa

## YUNIT 1 NKỌWA NKEJI ASỤSỤ

### Ndịna

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwem
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

### 1.1 Mkpọlite

Ihe mebere asụsụ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche dị n'ime asụsụ. Ọ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche e dokọrọ ọnụ ka eji emebe usoro okwu dị iche iche nke e ji asụ asụsụ. Asụsụ niile dị n'ụwa nwere mkpụrụ okwu mejuputara nke ọ bụla n'ime ha. Ọ bụ mkpụrụ okwu dị n'ime asụsụ bụ ngwaọrụ asụsụ ji arụ ọrụ ya.

### 1.2 Mbunuche

Na njedebe yunit a, ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa nkeji asụsụ Igbo
- Inye ọmụmaatụ nkeji asụsụ dị iche iche e nwere n'Igbo

### 1.3 Ndịna Kpọm kwem

Mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo nwegbadoro ọrụ dị iche iche ha na-arụ n'asụsụ. Ya bụ na e kewara mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ dị ka ọrụ ha na-arụ siri dị. Mkpụrụ okwu niile na-arụ otu ụdị ọrụ na-anọkọ ọnụ n'otu òtù. Nkeji asụsụ bụ nkerisi e kerisiri mkpụrụ okwu niile dị n'otu

asụsụ. Nkeji asụsụ Igbo bụ òtù dị iche iche e kewasịrị mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo. E nwere ike ịkpọ nkeji asụsụ "òtù mkpuruokwu". Nke a pụtara na mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo nwere otu ha nọ na ya dị ka iwu na-achịkwa asụsụ Igbo siri dị.

Nkeji asụsụ bụkwa mkpụrụ okwu ndị ahụ gbara ọkpụrụkpụ nke a na-ahụkarị mpụtara ha na nkọwaokwu. Ọ bụ ụdị mkpụrụ okwu na kwa ụdị ọrụ ọ na-arụ na-ekpebi n'òtù mkpụrụ okwu ọ ga-anọ. E nwere nkeji asụsụ ndị a n'Igbo**:** Mkpọaha, Nkọwa , Ngwaa, Nkwuwa, Njiko, Mbụụzo, Ntimkpu. Nkeji asụsụ ndị a bụ ndị gbara ọkpụrụkpụ bụrụ kwa ndị a na-ahụ na nkọwaọkwu. E wezụga ndị a, e nwere nkeji asụsụ ndi ọzọ ndị dịkwa n'asụsụ Igbo mana anaghị ahụkebe ha na nkọwaokwu. Ha na-adabekarị na nkeji asụsụ ndị ọzọ iji mee ka nghọta ha ma ọ bụ ọrụ ha pụta ìhè. Ha gụnyere ndị a : Mgbàkwụnye, Nsọkwụnye, Njaike.

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ nkejiasụsụ?
- Depụta ụdị nkejiasụsụ ise e nwere n'Igbo

## 1.4 Mmechi

Asụsụ dị iche iche nwere nkeji asụsụ mejupụtara ha. Nkewasị e kewasịrị mkpụrụ okwu niile dị n'otu asụsụ dị ka ọrụ ha si dị ka a na-akpọ nkeji asụsụ. Nkeji asụsụ Igbo bụ nkewasị e kewasịrị mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo site n'ịgbado ụkwụ n'ọrụ ha na agwa ha. Aha ọzọ a na-akpọ nkeji asụsụ bụ òtù mkpụrụ okwu. E gosiri nkeji asụsụ ndị gbara ọkpụrụkpụ na ndị na-agbaghị ọkpụrụkpụ

## 1.5 Nchịkọta

Na nkeji a, a kọwara ihe bụ nkejiasụsụ dị ka o si metụta asụsụ Igbo. Òtù mkpụrụokwu ọ bụla ga-adị na ya dabeere n'ọrụ mkpụrụ okwu ahụ. Mkpụrụ okwu niile na-arụ otu ụdị ọrụ na-anọkọta ọnụ n'otu otu. Nkeji asụsụ ndị gbara ọkpụrụkpụ ka a na-ahụ mpụtara ha na nkọwaokwu ebe nkeji asụsụ ndị agbaghị ọkpụrụkpụ bụ ndị anaghị ahụ mpụtara ha na nkọwaokwu kama nghọta ha na-esite n'ebe ha batara n'usoro okwu.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ nkeji asụsụ Igbo?
2. Olee ndịiche dị n'etiti nkeji asụsụ ndị gbara ọkpụrụkpụ na ndị agbaghị ọkpụrụkpụ?
3. Kedụ ihe ndị a na-elekwasị anya iji kpebie òtù mkpụrụokwu ga-adaba na ya?

## 1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 1.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- **Gịnị bụ nkejiasụsụ?**

Nkeji asụsụ bụ nkerisi e kerisiri mkpụrụ okwu niile dị n'otu asụsụ. Nkeji asụsụ Igbo bụ òtù dị iche iche e kewasịrị mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo. E nwere ike ịkpọ nkeji asụsụ "òtù mkpuruokwu". Nke a pụtara na mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ Igbo nwere otu ha nọ na ya dị ka iwu na-achịkwa asụsụ Igbo siri dị.

- **Depụta ụdị nkejiasụsụ ise e nwere n'Igbo**

Mkpọaha, Nkọwa , Ngwaa, Nkwuwa, Njiko, Mbụụzo, Ntimkpu, Mgbàkwụnye, Nsọkwụnye, Njaike.

# YUNIT 2 MKPỌAHA

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwem
2.4 Mmechi
2.5 Nchịkọta
2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 2.1 Mkpọlite

N'ime nkeji asụsụ dị iche iche e nwere, o nwere ndị bụ isi a hụrụ kwaba okpu. Nke a pụtara na nkeji asụsụ ndị a dị nnukwu mkpa n'usoro okwu. Ọ bụ eziokwu na mgbe ụfọdụ na ndokọ okwu na ha nwere ike ghara ise elu ma ọ bụ ịpụta ìhè mana ha ga-anọrịrị n'okpuru iji nye usoro okwu nghọta o kwesịrị inwe. N'ebe a, a ga-elebazị anya na ngalaba mkpọaha.

## 2.2 Mbunuche

N'ikpeazụ ihe ọmụmụ a, ị ga-amata ma nwee ike ịkọwa'

- Ihe bụ mkpọaha
- Ngalaba mkpọaha, nkọwa ha na ọrụ ha n'otu n'otu

## 2.3 Ndịna Kpọm kwem

Mkpọaha bụ otu n'ime nkeji asụsụ Igbo gbara ọkpụrụkpụ nke nwere ngalaba dị iche iche n'ime ya. Ọ bụ mkpụrụ okwu e ji egosi aha ihe ọ bụla nke ọnọdụ ya n'ahịrị okwu na-abụkarị n'isi ahịrị, na nnara nakwa mmeju ngwaa. Nke a pụtara na mkpọaha bụ aha e jiri mara mkpụrụ okwu niile na-arụ ọrụ ka aha n'ahịrị okwu. O nwere ike ịbụ isi ahịrị (Subject), nnara ngwaa (object of the verb) nnara mbuụzọ (object of a preposition) ma ọ bụ mmeju (complement). Ngalaba mkpọaha bụ ndị a: aha, nnọchịaha, ọnụọgụgụ, na njụajụjụ. A ga-akọwazị nke ọ bụla n'ime ha na nkeji ndị na-esote.

*Aha*

Aha bụ otu n'ime ngalaba mkpọaha kachara pụta ìhè. Ọ bụ njirimara ihe ọ bụla dị n'ụwa ma ndị dị ndụ, ndị adịghị ndụ, ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya. E ji aha egosi onye, ebe, ihe ma ọ bụ nghọta uche nke nwere ike ịbụ isi nkebi okwu kemkpọaha. Aha nwere ike ịnọ n'isi ahịrị ma ọ bụ n'ebe ọ bụla n'ahịrị ọkwu. Na nkenke, aha bụ ekwurekwu (ụdasụsụ) na-egosi onye, ihe, ebe ma ọ bụ nghọta uche, nke ga-enwe ike

ịbụ isi nkebi okwu kemkpọaha ma nwekwaa ike ịkwụrụ onwe ya. Aha nwere ike ịbụ nke mmadụ, anụmanụ, ebe, na ihe ndị ọzọ di iche iche e nwere ike ịhụ anya na ndị e nweghị ike ịhụ anya. Lee ọmụmụatụ ha:

Aha mmadụ: Amaka, Obinna, Nkechi, Okeke dg.
Aha anụmanụ: ewu, ọkụkọ, agụ, atụrụ dg.
Aha ebe: Enugwu, Ọka, ụlọọgwụ, ụlọakwụkwọ dg.
Aha ihe: ego, ụgbọala, uwe, akpa, oche, efere, udo, ịhụnanya dg.
*Nnọchiaha*

'Nnọchiaha bụ mkpụrụ okwu e nwere ike iji dochie anya aha n'ahịrị okwu kama ịkpọ aha ugboro ugboro n'otu ahịrị okwu. E nwere nnọchiaha asaa n'asụsụ Igbo. Ha gụnyere ndị a:

1. m (mụ) (2) i/ị (3) o/ọ (4) anyị (5) ụnụ (6) ha (7) a/e.

Nnọchiaha atọ bu ụzọ bụ nnọchiaha ndị e ji anọchite anya aha mkpọolu: m/I,ị/o,ọ/.
Nnọchiaha ndị a: anyị, ụnụ na ha bụ nnọchiaha ndị e ji anọchite aha karịrị otu. Nnọchiaha a/e bụ nnọchiaha e nweghị onye ọ na-arụ aka kpọmkwem nke nwekwara ike ịbụ mkpọolu ma ọ bụ ụbara. A na-akpọkwa ya 'nnọchimpesim' ma ọ bụ nnọchiaha enweonye.

N'ahịrị okwu, nnọchiaha ndị a niile na-akwụrụ onwe ha dị ka aha ha na-anọchi ga-esi kwụụru onwe ha.

### *Ọnụọgụgụ*

Ọnụọgụgụ bụ otu n'ime ụmụ mkpọaha nke e ji ezipụta ole ihe dị ma ọ bụ nke e ji agụ ihe ọnụ. E nwere ọnụọgụgụ ọhụrụ nke a na-agboso iji mata ole ihe dị ma ọ bụ gụọ ihe ọnụ, mana tupu ọnụọgụgụ ọhụrụ apụta e nwere ọnụ ọgụgụ ochie nke a na-agbaso mgbe gboo. Tupu e lebaa anya n'ọnụọgụgụ ọhụrụ, a ga-emetụ usoro ọnụọgụgụ nke ochie aka n'ebe a.
Usoro ọnụọgụgụ ochie:

| | | |
|---|---|---|
| 1 = otu | 6 = isii | 20 = ọgụ/oru |
| 2 = abụọ | 7 = asaa | 30 = ọgụ na iri |
| 3 = atọ | 8 = asatọ | 40 = ọgụ abụọ |
| 4 = anọ | 9 = iteghete | 50 = ọgụ abụọ na iri |
| 5 = ise | 10 = iri | 100 = ọgụ ise |
| 200 = ọgụ iri | 400 =nnụ | 800 = nnụ abụọ |

1000 = nnụ abụọ na ọgụ iri
8000 = ọgụ nnụ/oru nnụ
9000 = ọgụ nnụ na nnụ abụọ na ọgụ iri

N'ọnụọgụgụ ochie, ọ burụ na ihe a na-agụ ọnụ karịa ihe e nwere ike ịgụtanwu, ha ga-asị na ihe ahụ dị nnụ kwuru nnụ ma ọ bụ a gụkata agba awaa. Nke a so n'otu ihe mere e jiri wepụta usoro ọnụọgụgụ ọhụrụ.

Usoro ọnụọgụgụ ọhụrụ nke asụsụ Igbo na-agbaso ugbu a bụ nke America na Britain. Usoro ọnụ ọgụgụ nke a mere ka ọnụọgụ dị mfe n'agbanyeghị ole ihe dị n'asụsụ Igbo. A ga-emetụkwa nke a aka tupu a bịa na njedebe ihe ọmụmụ a.

***Njụajụjụ***

Njụajụjụ bụ mkpụrụ okwu ndị e ji ajụ ajụjụ n'asụsụ ọ bụla. Ọ bụ naanị ahịrị okwu bụ ajụjụ ka e ji njụajụjụ ezipụta. Lee njụajụjụ ụfọdụ: Ebee, Gini, Onye, Olee dg. Lee ha n'ahịrịokwu:

(a) Ebee ka ị na-eje?
(b) Gịnị ka ị na-achọ?
(c) Onye ka ị bụ?
(d) Ole ka o kwere?

Njụajụjụ nwere ike ịnọ naanị ya. O nwekwara ike ịnọ n'ọnọdụ isi ahịrị ma ọ bụ na mmeju dị ka mkpọaha ndị ọzọ. Ịma atụ:

(a) Onye ọcha ọ kwụrụ ego ole?
(b) O kwuru gịnị?
(c) I jekọ ebee?
Onye?, Gini?, Olee?

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ mkpọaha?
- Kedụ ndị bụ ngalaba mkpọaha?

## 2.4 Mmechi

Na nkeji a, a kọwara ihe bụ mpọaha na ngalaba ya anọ: aha, onụọgụgụ, nnọchiaha na njụajụjụ. Aha nwere ike ịbụ nke mmadụ, anụmanụ, ebe ma ọ bụ ihe nkịtị nke a na-ahụ anya na nke a naghị ahụ anya. Ọnụọgụgụ bụ ụdị mkpọaha nke e ji ezipụta ole ihe dị. Nnọchiaha bụ ụdị mkpọaha nke e ji anọchi anya aha mgbe a chọghị ịkpọ aha ihe ọ bụla kpọmkwem. Njụajụjụ bụkwa nnwa mkpọaha nke bụ ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche e ji ajụ ajụ ajụjụ n'asụsụ Igbo.

## 2.5 Nchịkọta

Nkeji a lebara anya na nkejiasụsụ mkpọaha. A kọwara ụmụ ma ọ bụ ngalaba mkpọaha dị iche iche tinyere ọmụmụatụ nke ọ bụla n'ime ha.

**Ihe Omume Onye Nkuzi ga-amaakị**

1. N'uche gị, gịnị bụ mkpọaha?
2. Kọwaa ngalaba mkpọaha ndị doro gị anya.
3. Nye ọmụmaatụ ise ise nke ngalaba mkpọaha ndị ị kọwara n'elu.

## 2.6 Nrụtụaka /Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ mkpọaha?
  Mkpọaha bụ otu n'ime nkeji asụsụ Igbo gbara ọkpụrụkpụ nke nwere ngalaba dị iche iche n'ime ya. Ọ bụ mkpụrụ okwu e ji egosi aha ihe ọ bụla nke ọnọdụ ya n'ahịrị okwu na-abụkarị n'isi ahịrị, na nnara nakwa mmeju ngwaa. Nke a pụtara na mkpọaha bụ aha e jiri mara mkpụrụ okwu niile na-arụ ọrụ ka aha n'ahịrị okwu. O nwere ike ịbụ isi ahịrị (Subject), nnara ngwaa (object of the verb) nnara mbuụzọ (object of a preposition) ma ọ bụ mmeju (complement).
- Kedụ ndị bụ ngalaba mkpọaha?
  Ngalaba mkpọaha bụ ndị a: aha, nnọchịaha, ọnụọgụgụ, na njụajụjụ.

# YUNIT 3 NNỌCHIAHA

## Ndịna

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọm kwem
3.3.1 Nkewa Nnọchiaha
3.3.2 Agwa Nnọchiaha na-akpa n'Ahịrị Okwu
3.4 Mmechi
3.5 Nchịkọta
3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 3.1 Mkpọlite

Na nkeji nke atọ, a kọwara maka aha, ụdị aha dị iche iche na ụzọ e si ekewa aha n'usoro ọdinala na kwa sayensị asụsụ. N'ebe a, a ga-eleba anya na ngalaba mkpọaha nke ọrụ ya bụ ịnọchi anya aha mgbe a chọghị ịkpọ otu aha ugboro ugboro n'usoro okwu.

## 3.2 Mbunuche

E bu n'obi na ụmu akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa nnọchiaha na ụdị nnọchiaha e nwere n'Igbo
- isite n'ahịrị okwu nye ọmụmaatụ ụdị nnọchiaha dị iche iche

## 3.3 Ndịna Kpọm kwem

### 3.3.1 Nkewa Nnọchiaha

E kewara nnọchiaha site n'ịgbado ụkwụ n'onye na-ekwu okwu nke a kpọrọ onye mbụ (pesịn mbụ), onye na-ege ntị/onye a na-agwa - onye nke abụọ (pesịn nke abụọ), na onye a na-ekwu maka ya (pesịn nke atọ). Nnọchiaha niile e ji anọchite onye nke mbụ/abụọ/atọ nwechara mkpolu na ụbara ha. Nnọchiaha dị n'asụsụ Igbo anaghị abawanye abawanye.

**Onye mbụ -** (mkpolu): - m/mụ (I)
**Onye abụọ -** (mkpolu): - i/ị/gị (you)
**Onye atọ -** (mkpolu) o/ọ (He, she, it)
**Enweonye** – a/e (someone)

Ụbara ha bụ ndị a :
**Onye mbụ** - anyị (we)
**Onye abụọ** - ụnụ (you)

**Onye atọ -** ha (they)
**Enweonye -** a/e (ha) (they)

### 3.3.2 Agwa Nnọchiaha na-akpa n'Ahịrị Okwu

Nnọhiaha na-arụ ọrụ dị ka: isi ahịrị, nnara ekelesu/nkwụọtọ, nnara ngọm/mgbagọ, nnara mbụuzo n'ahịrị okwu. E jikwa nnọchiaha egosi onwunwe ihe n'ahịrị okwu, jirikwa ya na-egosipụta nkwukwasa/nkwurukwasa (emphasis).

Nnọchiaha enweonye nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isi ahịrị ma o nweghị ike ịrụ ọrụ dị ka nnara. Nnọchiaha ndị ọzọ nwere ike ịru ọrụ dị ka isi ahịrị ma ọ bụ nnara n'ahịrị okwu.
Mgbe nnọchiaha na-arụ ọrụ dị ka isi ahịrị, ọ na-anọ na mbido ahịrị okwu dị ka:

a. <u>M</u> ga-eje ahịa.
b. <u>Í</u> kwuru okwu.
c. <u>O</u> gara akwụkwọ.
d. <u>Anyị</u> rijuru afọ.
e. Ha chezọrọ onwe ha.
f. Unu agbaala egwu.
g. <u>E</u> kwuru okwu.
h. Akụrụ <u>ha</u> aka.
i. Eriri <u>m</u> nri.

E lee anya n'ọmụmaatụ nke 'h', 'i', na 'j', a ga-ahụ na nnọchiaha 'ha' na 'm' bụcha isi ahịrị mana ha anọghị na mbido ahịrị okwu. Nke a na-egosi na 'm' na 'ha' nwere ike isote ngwaa mgbe ha bụ isi ahịrị. Ọ bụ naanị 'm' na 'ha' na-akpa agwa dị etu a n'ahịrị okwu ụfọdụ.

Nnọchiaha nwere nkwukwasa/nkwurukwasa bụ nnọchiaha na-akọwa maka onwe onye.
Ịma atụ:

a. Mụ <u>onwe m</u> ga-eri ji.
b. Ya <u>onwe ya</u> ma ihe a na-ekwu.
c. Ha <u>onwe ha</u> bịakwuru n'oge.
d. Gị <u>onwe gị</u> abịaghị n'oge.
e. Unu <u>onwe unu</u> makụrụ ya.

**'Onwe m', 'onwe ya', 'onwe ha', 'onwe gị' na 'onwe unu'** ndị a kara ihe n'okpuru bụcha nnọchiaha nke nkwukwasa ma ọ bụ nnọchiaha nke nchighara azụ.

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ nnọchiaha?
- Olee ndịiche dị n’etiti nnọchionwe na nnọchionweonye

## 3.4 Mmechi

Na nkeji a, a kọwakwuru maka nnọchiaha. E lebara anya n’ụzọ e si kewa nnọchiaha. E zipụtara ụdị nnọchiaha ndị a, nkọwa ha na ọmụmaatụ ha: nnọchionye, nnọchimpesin (nnọchienweonye), nnọchionwe, nnọchionweonye, nnọcchinkọwa na nnọchinkeonye.

## 3.5 Nchịkọta

A kọwara nnọchiaha dị ka mkpụrụ okwu e ji edochi aha n’ahịrị okwu ka a ghara ịkpọ otu aha ugboro ugboro n’ahịrị okwu. E gosiri ụdị nnọchiaha e nwere n’Igbo na atụ ha dị iche iche.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Kọwaa ihe bụ nnọchiaha.
2. Depụta ma kọwaa ụdị nnọchiaha ise e nwere.
3. Olee ndịiche dị n’etiti nnọchionwe na nnọchionweonye?
4. Zipụta ndịiche dị n’etiti nnọchiaha dị n’oluasụsụ gị na nke Igbo Izugbe.

## 3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria. Manilas Publishers.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz &

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 3.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ nnọchiaha?
  Nnọchi aha bụ ngalaba mkpọaha nke ọrụ ya bụ ịnọchi anya aha mgbe a chọghị ịkpọ otu aha ugboro ugboro n’usoro okwu.
- Olee ndịiche dị n’etiti nnọchionwe na nnọchionweonye

Nnọchionweonye nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isi ahịrị ma o nweghị ike ịrụ ọrụ dị ka nnara mana nnọchionwe nwere ike ịru ọrụ dị ka isi ahịrị ma ọ bụ nnara n’ahịrị okwu.

# YUNIT 4 ỌNỤỌGỤGỤ

## Ndịna

4.1 Mkpọlite
4.2 Mbunuche
4.3 Ndịna Kpọm kwem
 4.3.1 Nzipụta na Ebe Mgbakwasị Ọnụọgụgụ Igbo
 4.3.2 Ebe Mgbakwasị Ụkwụ Ọnụọgụgụ Igbo
 4.3.3 Etu e si Egosi Ọnụọgụgụ
4.4 Mmechi
4.5 Nchịkọta
4.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 4.1 Mkpọlite

Na nkeji nke abụọ, a kụziri maka mkpọaha na ngalaba ya anọ nke ọnụọgụgụ bụ otu n'ime ha. Gụọ nkọwa e nyere maka ọnụọgụgụ na nkeji nke abụọ. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ụzọ atọ e si ezipụta ọnụọgụgụ n'Igbo, ebe mgbakwasị ụkwụ ọnụọgụgụ Igbo na kwa etu e si egosi ọnụọgụgụ n'Igbo.

## 4.2 Mbunuche

A tụrụ anya na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ụzọ atọ e si ezipụta ọnụọgụgụ n'Igbo
- ịkọwa ebe mgbakwasị ụkwụ ọnụọgụgụ Igbo
- idepụta ọnụọgụgụ ọ bụla n'Igbo

## 4.3 Ndịna Kpọm kwem

### 4.3.1 Nzipụta na Ebe Mgbakwasị Ụkwụ Ọnụọgụgụ Igbo

A na-ezipụta ọnụọgụgụ Igbo site n'ụzọ atọ ndị a:

a. Site n' iji mkpụrụ okwu dị ka: otu, abụọ, atọ, anọ, ise, dg.
b. Site n'iji mkpụrụ ọnụọgụgụ Arabiik dị ka: 2,3,4,5,6 dg.
c. Site n' iji mkpụrụ ọnụọgụgụ Roman dị ka: i, ii, iii, iv, dg.

### 4.3.2 Ebe Mgbakwasị Ụkwụ Ọnụọgụgụ Igbo

N'ọnụọgụgụ Igbo, e nwere ebe a na-agbakwasị ụkwụ wee gụrụ gawa ma ọ bụ gụbatawa ọnụọgụgụ ndị ọzọ. A na-ebido na ndị a wee gụba ndị ọzọ:

1. Efu = 0
2. Otu =1
3. Iri = 10
4. Narị = 100
5. Puku = 1000
6. Nde = 1,000,000
7. Ijeri = 1,000,000,000 (America)
8. Ijeri = 1,000,000,000,000 (Britain)

### 4.3.3 Etu e si Egosi Ọnụọgụgụ

1. Ọ bụrụ na a chọọ iji otu wee gosi ọnụọgụgụ, otu na-ebu ụzọ, ihe ọ na-egosi ole ọ dị a na- esote ya. Dị ka:

   Otu ji
   Otu ube
   Otu ụdara
   Otu ịchaka

2. Ọ bụrụ na a chọọ iji ọnụ ọgụgụ zipụta ole ihe karịrị otu dị, ihe a na-egosi ole ha dị na-ebu ụzọ tupu ọnụọgụgụ ya/ole ọ dị ana esote.

**Ịma atụ:**

aka abụọ
ụlọ ise
ego iri
moto abụọ
ji abụọ
ji puku abụọ na iri ise = 2050
mmadụ nde atọ = 3,000,000
ji nde atọ na ise = 3,000,005

Mgbe ọ bụla e nwere mgbagwoju anya gbasara ugboro narị, puku, nde ma ọ bụ ijeri wetara mgbagwoju anya, ihe a ga-eme dị ka Ụba-Mgbemena (2009:29) si nye ntụzi aka bụ idobe ugboro ole ahụ tupu narị, tupu puku, tupu nde ma ọ bụ tupu ijeri ka ọ na-esote aha ihe a na-ekwu maka ya tupu ọnụọgụ ndị ọzọ a na-esotezi narị ma ọ bụ puku ma ọ bụ nde ma ọ bụ ijeri.

A ga-agbaso usoro a iji gbochie mgbagwoju anya n'ụdị a:

Aha ihe + ugboro ole narị/puku/nde/ijeri + ọnụọgụ ọzọ

Lee ezi ọmụmaatụ ndị a:

Ụlọ iri atọ puku na asaa – (30,007)
Ụlọ iri atọ na asaa puku (37,000)
Mmadụ iri nde na abụọ (10,000,002)
Mmadụ iri na abụọ nde (12,000,000)
Ụlọ iri asatọ na asatọ ijeri (88,000,000, 000,000)
Ụlọ iri asatọ ijeri na asatọ (80,000),000,000,008)
100,000 books – Akwụkwọ narị puku.
8,000,800,118,012 tubers of yam = Ji ijeri asatọ, nde narị asatọ, puku narị iri na asatọ na iri na abụọ.

**Nnwale Onwe**

- Kedụ ka e si ezipụta ọnụọgụ Igbo?
- Kedụ ebe mgbakwasa ụkwụ ọnụọgụ Igbo?

## 4.4 Mmechi

Na nkeji a, e lebara anya n'ụzọ e si ezipụta ọnụọgụgụ, ebe mgbakwasị ụkwụ ọnụọgụgụ Igbo na kwa etu e si egosi ọnụgụgụ Igbo.

## 4.5 Nchịkọta

A kọwara ọnụọgụgụ dị ka otu n'ime ụmụ mkpọaha nke ọrụ ya bụ izipụta ole ihe dị. Na nkeji nke abụọ, a kọwara ụdị ọnụụgụgụ abụọ: ọnụọgụgụ ochie na nke ọhụrụ a kọwakwara ihe mere e ji wepụta ọnụọgụgụ ọhụrụ tinyere usoro e si ezipụta ọnụọgụgụ ọhụrụ.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị mere e jiri wepụta usoro ọnụọgụgụ ọhụrụ?
2. Were ezi atụ ziputa ndịiche dị n'etiti usoro ọnụogụgụ ochie na nke ọhụrụ.
3. Depụta ọnụọgụgụ ndị a n'Igbo:
   (a) 1,008 tubers of yam
   (b) 301,000,000,000 houses
   (ch) 8,000,800, 212, 025 books

## 4.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.Manilas Publishers.

Ụba-Mgbemena, A. (2009). *Ntọala Usoroasụsụ Igbọ*. Ibadan: Pacific Publishers

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz &

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 4.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Kedụ ka e si ezipụta ọnụọgụ Igbo

  i. Site n' iji mkpụrụ okwu dị ka: otu, abụọ, atọ, anọ, ise, dg.
  ii. Site n'iji mkpụrụ ọnụọgụgụ Arabiik dị ka: 2,3,4,5,6 dg.
  iii. Site n' iji mkpụrụ ọnụọgụgụ Roman dị ka: i, ii, iii, iv, dg.

- Kedụ ebe mgbakwasa ụkwụ ọnụọgụ Igbo

A na-ebido na ndị a wee gụba ndị ọzọ:
Efu = 0

- Otu =1
- Iri = 10
- Narị = 100
- Puku = 1000
- Nde = 1,000,000
- Ijeri = 1,000,000,000 (America)
- Ijeri = 1,000,000,000,000 (Britain)

# YUNIT 5 NKỌWA

## Ndịna

5.1 Mkpọlite
5.2 Mbunuche
5.3 Ndịna Kpọm kwem
  5.3.1 Gịnị bụ Nkọwa?
  5.3.2 Nkọwa aha
    5.3.2.1 Njirimara Nkọwa aha
  5.3.3 Nrụaka
  5.3.4 Nziole (Mkpokọta)
  5.3.5 Nnọchinke (Nkeonye/Keonwunwe)
5.4 Mmechi
5.5 Nchịkọta
5.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 5.1 Mkpọlite

Dị ka e si nwee nkeji asụsụ nke ọrụ ya bụ inye ihe ọ bụla aha, e nwekwara nkejiasụsụ nke ọrụ ya bụ ịkọwa aha. E nwere ụdị mkpụrụ okwu dị n'asụsụ Igbo ndị akparamagwa ha bụ ikwu ihe gbasara aha n'usoro okwu. Na nkeji a, a ga-ezipụta ma kọwaa mkpụrụ okwu ndị ahụ n'otu n'otu.

## 5.2 Mbunuche

Na njedebe nkụzi a, ị ga-enwe ike:

- ịkọwa ihe bụ nkọwa
- inye ọmụmaatụ ụdị nkọwa e nwere n'asụsụ Igbo
- ịkọwa njirimara ezigbo nkọwa

## 5.3 Ndịna Kpọm kwem

### 5.3.1 Gịnị bụ Nkọwa?

Nkọwa bụ aha jikọtara mkpụrụ okwu niile na-arụ ọrụ ịkọwa aha. Ha enweghị ike ịkwụrụ onwe ha bụrụ nkebi okwu kemkpọaha. E kewara nkọwa ụzọ anọ ndị a: nkọwa aha, nrụaka, nnọchiaha keonwunwe (nkeonye), nziole (mkpokọta). A ga-akọwazị nke ọ bụla n'ime ụmụ nkọwa ndị a.

### 5.3.2 Nkọwa aha

Nkọwaaha bụ mkpụrụokwu na-akọwa ihe gbasara aha. Ha adịghị ọtụtụ n'asụsụ Igbo. Lee ụfodụ n'ime ha: ọma, ọmarịcha, ajọ (ọjọọ), obere ojii, nnukwu, ukwu, ezigbo, nta, ọhụrụ, ochie, mkpọmkpọ, ngịrịnga dg.

#### 5.3.2.1 Njirimara Nkọwa aha

1. N'asụsụ Igbo, nkọwa aha na-eso aha ọ na-akọwa.

**Ọmụmaatụ:**

(a) Nwanyị <u>ọma</u>
(b) Ewu <u>ojii</u>
(ch) Nwaanyị <u>ojọọ</u>
(d) Ụlọ <u>ukwu</u>

N'asụsụ Bekee, ọ bụ mkpọaha na-eso nkọwa aha dị ka: <u>good</u> boy, <u>black</u> goat, <u>bad</u> woman.

2. Nkọwaaha enweghị ike ịkwụ naanị ya bụrụ isi ahịrị, isi nkebiokwu, nnapụta ma ọ bụ ọdu ahịrị. Ịma atụ:
a. Ọ rụrụ ụlọ ahụ ogologo
b. Ogologo ya karịrị elu ya

N'ahịrị okwu ndị a, ogologo bụ aha nkọwa n'ihi na ọ naghị akọwa ụlọ kpọmkwem kama ọ bụ etu e si rụọ ụlọ ka ọ na-akọwa.

Nke a pụtara na nkọwa aha anaghị anọ n'isi ahịrị ma ọ bụ n'ọdụ ahịrị

3. Nkọwa aha anaghị eso mkpụrụ okwu a bụ "dị" n'ahịrị okwu.
   Ọ dị ogologo/mkpụmkpụ/nwayọọ
4. Nkọwaaha anaghị agbanwe ụda ha mana okwu ndị ọzọ na-agbanwe ụda ha. Ọmụmaatụ: akwa ọcha (HH)
   akwa ọcha (LH)

Site na njirimara nkọwaaha e zipụtara n'elu, a chọpụtara na ụfọdụ nkọwaaha ndị e depụtara n'elu abụghị ezigbo nkọwa aha n'ihi na e nwere ka ha siri rie mperi.
Nke a pụtara na e nwere nkọwa aha ndị bụ ezigbo ya nwee ndị nwere ike ịrụ ọrụ dị ka aha nkọwa. Mgbe nkọwa aha bụ ezigbo nkọwa aha bụ mgbe ọ na-esokirido aha ọ na-akọwa. Ma mgbe ọ bụla nkọwa aha anaghị esochi aha ọ na-akọwa ma ọ bụ nọrọ n'ọnọdụ ọzọ n'abụghị n'azụ aha, mara na ọ bụghị ezigbo nkọwa aha kama ọ bụ aha nkọwa.

**Nnwale onwe**

- Chọpụta mkpụrụ okwu iri ndị nwere ike ịrụ ọrụ nkọwa aha mana ha abụghị ezigbo nkọwa.

### 5.3.3 Nrụaka

Nke a bụ otu n'ime ụmụ nkọwa. Nrụaka bụ mkpụrụ okwu na-arụ aka n'ihe a na-ekwu ka o doo anya. N'Igbo Izugbe, e nwere naanị nrụaka abụọ ndị a: 'a' na 'ahụ'
A na-eji 'a' egosi ihe dị nso: ụlọ a, ebe a
Ọ bụrụ ihe dị ebe dị anya, ma ọ bụ ihe mmadụ (onye a na-agwa) marala maka ya; a na-eji 'ahụ' ezipụta ya.
Ọmụmaatụ: nwoke ahụ, ji ahụ, onye ahụ, ihe ahụ

### 5.3.4 Nziole (Mkpokọta)

Nke a bụ otu n'ime ụmụ nkọwa. Ọrụ ya bụ ịgwa anyị ole ihe a na-ekwu maka ya dị. Mgbe ụfọdụ nziole na-agwa anyị ole ihe a na-ekwu maka ya dị kpọmkwem ma ọ bụ ghara ikwu ole ihe ahụ dị. O nwere ike ikwu ma ha dị ole na ole ka ha buru ibu. Ndị a bụ mkpụrụ okwu ụfọdụ e ji ezipụta mkpokọta: dum, niile, imirikiti/imerime, ncha, ole na ole dg.

a. Ha niile bụ nke m
b. Mmadụ dum bịara
c. Imirikiti ka a kpọrọ
d. Kpọọ mmadụ ncha

### 5.3.5 Nnọchinke (Nkeonye/Keonwunwe)

Nke a bụ otu ngalaba nkọwa na-egosi onwunwe nke e jikwa nnọchiaha ezipụta. Ọrụ ya bụ ịkọwa onye nwe ihe a na-ekwu maka ya. Mgbe ụfọdụ a na-ewere ha dị ka ngalaba nnọchiaha a na-akpọ nnọchinkeonye. Mkpụrụ okwu ndị a kara ihe n'okpuru n'usoro okwu ndị na-esote bụcha nnọchiaha keonwuwe/nkeonye
Ego ya, ji anyị, oche gị, efe ụnụ dg.

## 5.4 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, a kọwara ihe bụ nkọwa na ngalaba anọ o nwere ndị bụ: nkọwa aha, nrụaka, nnọchinkọwa na nziole. A kọwara nke ọ bụla n'ime ha ma nye ọmụmụaatụ ha.

## 5.5 Nchịkọta

Na nkeji a, a kọwara na nkọwa bụ aha jikọtara mkpụrụ okwu niile na-arụ ọrụ ịkọwa aha. E gosiri ụdị nkọwa e nwere n'asụsụ Igbo. E mekwara ka a ghọta na e nweghị ọtụtụ nkọwa n'Igbo n'ihi ụdị ya na akparamagwa ya. E zipụtara njirimara ezigbo nkọwa tinyere ka e si amata mkpụrụ okwu ndị abụghị ezigbo nkọwa. A kọwazịrị ụdị nkọwa ndị ọzọ nyekwa ọmụmụatụ ha dị iche iche.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ nkọwa?
2. Depụta ma kọwaa ngalaba nkọwa ị maara.
3. Olee ihe dị iche n'etiti nkọwaaha na ahankọwa?

## 5.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 5.7 Azịza Ajụjụ Nnwale onwe

- Chọpụta mkpụrụ okwu iri ndị nwere ike ịrụ ọrụ nkọwa aha mana ha abụghị ezigbo nkọwa.

<u>Nnukwu</u> osisi ahụ adaala
- <u>Ogologo</u> ya dị egwu
- <u>Ezigbo</u> di dị ụko
- Ụzọ ahụ dị <u>warawara</u>
- Eze lụrụ nwaanyị <u>ọhụrụ</u>
- Ụgbọala ya emeela <u>ochie</u>
- <u>Ajọ</u> nwa ka ọ bụ
- Akwa ahụ dị <u>nkịrịnka</u>
- Nwoke ahụ dị <u>ganigani</u>
- Ala ya dị <u>obosara</u>

# MODUL 3 NGWAA

Na Modul 2, anyi mụrụ maka mkpọaha na ihe ndi so ya. Na Modul 3 a, ị ga-amụ maka nkọwa ngwaa, ngalaba ya, ụdị ya, nsinangwaa na nkwuwa. Modul a nwere yunit anọ.

Yunit 1 Ngwaa na Ngalaba Ya
Yunit 2 Ụdị Ngwaa
Yunit 3 Nkwuwa

## YUNIT 1 NGWAA NA NGALABA YA

### NDỊNA

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwem
 1.3.1 Nkọwa Ngwaa na Ngalaba Ya
 1.3.2 Ọnọdụ Ngwaa n’Ahịrị Okwu
 1.3.3 Ụdị Mkpụrụ Okwu e si na Ngwaa Emepụta
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.5 Nrụtụaka/Ngụmi

### 1.1 Mkpọlite

Ngwaa bụ nkeji asụsụ gbara ọkpụrụkpụ n’Igbo. E wepụ ngwaa, ahịrị okwu ndị e ji asụ asụsụ agaghị enwe nghọta n’ihi na ọ bụ ngwaa na-enye ahịrị okwu nghọta. Na nkeji a, a ga-akọwa ngwaa, lebakwaa anya na ngalaba ya; ụdị ngwaa dị iche iche; ụdị mkpụrụ okwu e si na ngwaa enwete. A ga-ezipụta ọnọdụ dị iche iche ngwaa na-anọ n’ahịrị okwu.

### 1.2 Mbunuche

Na njedebe nkụzi a, e bu n’obi na ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ngwaa
- tụlee ngalaba ngwaa
- kọwaa ụdị ngwaa dị iche iche
- nye ọmụmaatụ ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche e si na ngwaa nwete

### 1.3 Ndịna Kpọm kwem

#### 1.3.1 Nkọwa Ngwaa na Ngalaba Ya

Ngwaa bụ nkeji asụsụ na-ekwu maka aha ma ọ bụ nnọchiaha. Ọ na-egosi ihe isi ahịrị na-eme/mere, ma ọ bụ ọdịdị ya. Ahịrị okwu ọ bụla ga-enwerịrị ngwaa n'ihi na ọ bụ ngwaa na-eme ka a ghọta ihe mere n'ahịrị okwu ma ọ bụ ihe isi ahịrị mere.

(a) Ha gara ahịa.
(b) Obinna riri nri.
(c) Chidimma ma akwụkwọ.
(d) Nkechi di ọcha.

Mkpụrụ okwu ndị a kara ihe n'okpuru bụcha ngwaa.

**Ngwaa nwere ngalaba ndị a:**

a. Isingwaa
b. Nnyemakangwaa
c. Mmekangwaa

**Isingwaa** dị ka aha ya siri dị bụ mmalite ngwaa n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ n'isingwaa ka a na-agbakwụnye ụdị mkpụrụ asụsụ dị iche iche iji mepụta okwu ọhụrụ, gbanwee nghọta mkpụrụ okwu ma ọ bụ gbatịkwuo nghọta mkpụrụ okwu. A na-esikwa n'isingwaa emepụta ụdị mkpụrụ okwu ndị ọzọ dị ka mfinifivu, jerọndụ, ahaome, ahamme.

Ndị a bụ isingwaa ụfọdụ: me, je, ri, ta, si, kụ, de, kwu dg.
A na-emebe isingwaa site n'idokọ otu mgbochiume na otu ụdaume (mgbochiume + ụdaume = Isingwaa (m+ụ = isingwaa).

**Nnyemakangwaa**

Nke a bụ mkpụrụ okwu na-enyere mmekangwaa aka iji zipụta nghọta zuru oke. A na-esite n'ụzọ ndị a ezipụta nnyemaka ngwaa n'asụsụ Igbo.

i. Nnyemaka ngwaa "na-" (na + akara uhie) na-egosi ihe na-eme mgbe onye na-ekwu okwu kpụ okwu n'ọnụ, ihe na-eme eme na ihe na-eme na-agawanye.
ii. "Ga-" bụ nnyemakangwaa na-egosi ihe ga-eme n'ọdịnihu.
iii. "Ka-" na-egosi ihe gaara ime mana o mezighị.

**Ịma atụ:**

a. Ike na-agụ akwụkwọ.
b. Ha ga-abịa echi.
c. Ị ka-ekwu eziokwu.

### 1.3.2 Ọnọdụ Ngwaa n'Ahịrị Okwu

Dị ka e kwuru na mbụ, ngwaa bụ nkeji asụsụ na-egosi ihe isi ahịrị na-eme/mere n'ahịrị okwu.

1. Ọ na-esokarị isi ahịri n'azụ. Ya bụ aha gatachaa, ngwaa ana esote dị ka:

   (a) Eze gara ahịa.
   (b) Ụlọ ha buru ibu.

   Nke a dabara n'usoro ndokọ ANM (Aha + ngwaa + mmeju/nnara) nke a kpọrọ SVO na Bekee. Nke a bụ ọnọdu pụtakarịrị ìhè ngwaa na-anọ n'ahịrị okwu Igbo.

2. Ngwaa nwekwara ike iwere ọnọdụ n'isi ahịrị dị ka okwuu si chọọ dị ka:

   Rie nri gị n'oge.
   Biaghachi ma e mechaa
   Nye m ego m.
3. Ngwaa na-anọkwa n'isi ahịrị n'ahịrị ntimiwu dị ka
   Bịa ebe a!
   Rie nri a!
   Pụọ ebe a!
4. Ngwaa nwekwara ike ịbụ mkpụrụ okwu ikpeazụ n'ahịrị okwu Ịma atụ:

   (a) Ọ sị gị bịa.
   (b) Ihe chukwu kwuru ga-eme.
   (c) Gịnị ka I kwuru?
   (d) Onye ka ị bụ?
   (e) Gịnị ka o mere?

Site n'ọmụmaatụ ndị a, a ga-ahụ na mgbe e nwere ngwaa abụọ n'ahịrị okwu, otu na-eso aha (isi ahịrị) nke ọzọ abụrụ mkpụrụ okwu ikpe azụ. Ọzọ kwa bụ na ngwaa na-abụkarị mkpụrụ okwu ikpeazụ n'ahịrị ajụjụ dị ka ọmụmaatụ atọ kpe azụ gosiri.

### 1.3.3 Ụdị Mkpụrụ Okwu e si na Ngwaa Emepụta

Ngwaa bụ otu n'ime nkeji asụsụ e si na ya emepụta mkpụrụ okwu ndị ọzọ. Mkpụrụ okwu ndị a gụnyere:

a. **Mfinitivu** – Mkpụrụ okwu na-egosi ihe a na-eme eme dị ka: ịta, ịgụ, ije, ime, iri, iti, imụ dg.

Usoro mmepụta mfinitivu = nganihu i/ị + isingwaa.

b. **Mmekangwaa**: Mkpụrụ okwu na-egosi ihe a na-eme ma ọ bu ihe a ga-eme dị ka: eje, eri, eti, agụ, amụ, ata dg. Usoro mmepụta mmekangwaa = nganihu a/e + isingwaa.

Ch. **Jerọndụ**: Mkpụrụ okwu na-egosi omume ihe dị ka: Oriri, ojije, ọrụrụ, ọgụgụ, ọmụmụ, orire, otiti, omume dg.

E nwere usoro abụọ e si emepụta jerọnd n'asụsụ Igbo:

1. Usoro mmepụta jerọnd = nganihu o/ọ + isingwaa$^2$ (isingwaa agbara nje) – ọkụkụ, ọgịga, osisi, dg.
2. Usoro mmepụta jerọnd = nganihu m/n + isingwaa + nganihu m/n + isingwaa njenje, mmemme, nganga, nkanka.

N'usoro mmepụta jerọnd nke mbụ, ụfọdụ jerọnd zuru oke na mmebe ha ebe mmebe ụfọdụ ezughị oke. Nke a pụtara na ụfọdụ jerọnd gbasoro usoro mmepụta dabara adaba ebe ụfọdụ riri mperi. Jerọnd ndị mmebe ha dabara nke ọma ka a na-akpọ jerọnd mfe – lee ha: **oriri, ọrụrụ, ọmụmụ, ọkụkụ** dg. Jerọndụ ndị mmebe ha riri mperi ka a na-akpọ jerọndụ mgbagwọ – lee ụfọdụ n'ime ha: **ọkịka, ọgịga, ọtịta, ojije** dg.

d. **Aha ome**: Mkpụrụokwu na-egosi onye na-eme ihe ma ọ bụ aka ọrụ mmadụ dị ka:

odee (ode akwụkwọ)
ọgụụ (ọgụ akwụkwọ)
osii (osi nri)
ọsụụ (ọsụ akwa)
osee (ose foto)
otee (ote nkwụ)

Usoro mmepụta ahaome – nganihu o/ọ + isingwa + ụdaume isingwaa.

e. **Aha mme**: Mkpụrụ okwu na-egosi ihe e ji eme ihe dị ka:

ngwuu (ngwu ala)
mkpaa (mkpa ọkụ)
nsii (nsi ite)

Usoro mmepụta ahamme = nganihu m/n + isingwaa + ụdaume isingwaa.

**Aha nsinangwaa dị iche iche**: Nke a metụtara mkpụrụ okwu ndị ọzo niile e si na ngwaa emepụta: ncheta, ngosi, mwepụ, nchicha, nkopu, nkowe, nkupu, edemede, agụmagụ, ejemeje.

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ isingwaa?
- Depụta isingwaa ise ị maara.
- Kedụ ka e si ezipụta nnyemakangwaa n'asụsụ Igbo?

## 1.4 Mmechi

ọmụmụ ihe a lebara anya na nkeji asụsụ ngwaa. A kọwara ngwaa na ngalaba ya ndị a: isingwaa, nnyemaka ngwaa na mmekangwaa. E gosiri ọnọdụ dị iche iche ngwaa nwere ike ịnọ n'ahịrị okwu. E zipụtara ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche e si na ngwaa enweta dị ka: mfinitivu, jerọnd, mmekangwaa, aha ome, aha mme na aha nsinangwaa ndị ọzọ.

## 1.5 Nchịkọta

nkeji a, a kọwara ngwaa dị ka nnukwu nkeji asụsụ gbara ọkpụrụkpụ ma dịkwa nnukwu mkpa n'asụsụ Igbo. A na-akpọ asụsụ Igbo asụsụ ngwaa n'ihi ọrụ pụrụ iche ngwaa na-arụ na ya. A kọwara ihe gbasara ngalaba ngwaa, ọnọdụ ya n'ahịrị okwu, ụdị mkpụrụ okwu e si na ngwaa enweta.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ ngwaa n'echiche gị?
2. Jiri ezi atụ zipụta ngalaba ngwaa dị iche iche
3. Kọwaa mkpụrụ okwu ndị a na usoro mmepụta ha: mfinitivu, jerọnd, aha ome na aha mme.
4. Olee ọnọdụ dị iche iche ngwaa nwere ike ịnọ n'ahịrị okwu? Nyekwa ezigbo atụ.

## 1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.Manilas Publishers.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz &

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 1.6 Aziza Ajụjụ Nnwale

- Gịnị bụ isingwaa?

ka aha ya siri dị bụ mmalite ngwaa n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ n'isingwaa ka a na-agbakwụnye ụdị mkpụrụ asụsụ dị iche iche iji mepụta okwu ọhụrụ, gbanwee nghọta mkpụrụ okwu ma ọ bụ gbatịkwuo nghọta mkpụrụ okwu. A na-esikwa n'isingwaa emepụta ụdị mkpụrụ okwu ndị ọzọ dị ka mfinifivu, jerọndụ, ahaome, ahamme.

A na-emebe isingwaa site n'idokọ otu mgbochiume na otu ụdaume (mgbochiume + ụdaume = Isingwaa (m+ụ = isingwaa).

- Depụta isingwaa ise ị maara.

Ndị a bụ isingwaa ụfọdụ: me, je, ri, ta, si, kụ, de, kwu dg.

- Kedụ ka e si ezipụta nnyemakangwaa n'asụsụ Igbo?

A na-esite n'ụzọ ndị a ezipụta nnyemaka ngwaa n'asụsụ Igbo.

Nnyemaka ngwaa "na-" (na + akara uhie) na-egosi ihe na-eme mgbe onye na-ekwu okwu kpụ okwu n'ọnụ, ihe na-eme eme na ihe na-eme na-agawanye.

i. "Ga-" bụ nnyemakangwaa na-egosi ihe ga-eme n'ọdịnihu.
ii. "Ka-" na-egosi ihe gaara ime mana o mezighị.

# YUNIT 2 NKENỤỤDỊ NGWAA

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwem
2.4 Mmechi
2.5 Nchịkọta
2.6 Nrụtụaka/Ngụmi
2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

## 2.1 Mkpọlite

Ngwaa, dị ka nnukwu nkeji asụsụ e nwere n'asụsụ Igbo na-ezipụta onwe ya n'ụdị dị iche iche. E nwere ihe ole na ole e nwere ike ịgbado ụkwụ na ha wee zipụta ụdị ngwaa ndị pụtara ìhè n'Igbo. N'ebe a, a ga-akọwa ụdị ngwaa dị iche iche e nwere.

## 2.2 Mbunuche

A tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ụdị ngwaa dị iche iche
- inye ọmụmaatụ ụdị ngwaa dị iche iche
- ịtụlekọrịta ụdị ngwaa dị iche iche

## 2.3 Ndịna Kpọm kwem

E nwere ike ikewa ngwaa n'ụzọ atọ ndị a dị ka ụdịdị ha siri dị

(a) Nkeji okwu ole isingwaa nwere
(b) Ndị kwụụrụ onwe ha na ndị ndabe
(c) Mpụtara na nghọta chi ha.

Nkeji okwu ole isingwaa nwere:

Ọ bụrụ na e site na nkeji okwu ole isingwaa nwere wee lebaa anya na ngwaa, a ga-enweta ụdịdị ngwaa abụọ:

i. Ngwaa mfe
ii. Ngwaa ukwu

Ngwaa mfe bụ ngwaa ndị nwere naanị otu nkeji okwu n'isingwaa dị na ha. Ịma atụ:

si – O si Enugu/ O si ọrụ
ghe – O ghe oghe
gba – Obi gba aka
Ngwaa mfe ndị ọzọ bụ ndị a: bi, nọ, so, bụ, kwe, gbu, hụ, ri, dg.
Ngwaa ukwu bụ ngwaa ndị nwekarịrị otu nkeji okwu n'isingwaa ndị mebere ha.
Ọmụmaatụ:

- gbute, rifo, bute, fopu, weba, richa, wepu dg.
- bupute, weputa, richapụ, tachapụ, gbapụta, bubata dg.

B. Ngwaa ndị kwụụrụ onwe ha na ndị ndabe:

Ọ bụrụ na e site n'ụzọ a lebaa ngwaa anya, anyị ga-ahụ ụdị abụọ:

i. Ngwazu
ii. Ngwape

Ngwazu bụ ngwaa ndị zuru oke n'onwe ha n'ime ahịrị okwu. Ha anaghị achọ enyemaka ọ bụla iji mee ka nghọta ha zuo oke. Lee ha:

- Biara - Ada bịara
- Lọtara – Nwanne m lọtara
- Nupuru – Ụgbọ ha nupuru
- Nwụrụ – Nna ya nwụrụ

**Ngwape**

Ụdị ngwaa nke a bụ ngwaa ndị anaghị enwe nghọta zuru oke ma ọ bụrụ na ha kwụrụ naanị ha. Iji mee ka nghọta ha pụta ihe, a na-etinyere ha enyemaka ma ọ bụ mee ka ha na ngwaa ọzọ gakọọ ọnụ.
Ịma atụ:

- eje, ata, esi, arụ, ekwu, abịa, eje, dgz.

A na-etinyere ụdị ngwaa ndị a enyemaka iji mee ka nghọta ha zuo oke.

- Ha <u>ga-esi</u> nrị.
- Ha <u>gaara</u> eri nri.
- Nne ya <u>na-eje</u> ahịa.
- Ọ <u>ga-ekwu</u> okwu.

Ch. Mpụtara na nghọta ngwaa

E si n'ụzọ a lebaa anya na ngwaa, e nwere ike ikewa ngwaa ụzọ abụọ:

i. Ngwaa mme (Active Verb)
ii. Ngwaa ndị (Stative Verb)

Ngwaa mme bụ ụdị ngwaa na-ezipụta omume ihe ma ọ bụ ihe a na-eme eme.

**Ịma atụ**:

- Ha siri nri.
- Ngozi zara mbara ezi.
- Anyi kụrụ aka.
- Obi kwuru okwu.

Ngwaa ndị bụ ụdị ngwaa na-egosi ụdịdị ihe, ya bụ etu ihe siri dị n'ile ya anya. Ụdịdị ihe ha na-ezipụta anaghị agbanwekarị ọsọ ọsọ.

**Ịma atụ**:

- Anyi bụ umunne.
- Ọ dị ogologo.
- Ha toro ogo.
- Ngozi dị oji.
- Nna m bụ ezu.
- Obi ya jọrọ njọ.

**Nnwale Onwe**

- Kedụ ụzọ atọ e kewara ngwaa dịka ụdịdị ha siri dị?
- Gịnị bụ ngwaa mfe?
- Gịnị bụ ngwaa ukwu?

## 2.4 Mmechi

Na nkeji a, a kọwara ụzọ atọ e nwere ike isi kewa ngwaa: nkeji okwu ole isi ngwaa nwere, ndị kwụụrụ onwe ha na ndị ndabe, mpụtara ma ọ bụ nghọta ha nwere. Site n'ịgbado ụkwụ n'ihe atọ ndị e depụtara, e nwere ngwaa mfe na ngwaa ukwu, ngwazu na ngwape, ngwaa mme na ngwaa ndị. E nyekwara ọmụmaatụ nke ọ bụla n'ime ha.

## 2.5 Nchịkọta

Na nkeji a, a kọwara na e nwere ike isite n'ụzọ dị iche iche wee kewaa ngwaa. Ọ bụrụ na e site na nkeji okwu ole ngwaa nwere, a ga-enwete ngwaa mfe na ngwaa ukwu. E site na ngwaa ndị kwụụrụ onwe ha na ndị

ndade, a ga-enwete ngwazu na ngwape. Ọ bụrụzie na e ledo anya na na mpụtara ngwaa, a ga-enwete ngwaa mme na ngwaa ndị.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Depụta ma kọwaa ụzọ atọ e nwere ike ísī wee kewaa ngwaa n'asụsụ Igbo.
2. Tụlekọrịta ụdị ngwaa ndị a: (a) ngwazu na ngwape (b) ngwaa mme na ngwaa ndị.
3. Site n'ezi atụ zipụta ngwaa ndị kwụụrụ onwe ha na ngwaa ndabe.

## 2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy-Quality Press.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsụka:University of Nigeria Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Kedụ ụzọ atọ e kewara ngwaa dịka ụdịdị ha siri dị?
  E kewara ngwaa n'ụzọ atọ ndị a dị ka ụdịdị ha siri dị

  i. Nkeji okwu ole isingwaa nwere
  ii. Ndị kwụụrụ onwe ha na ndị ndabe
  iii. Mpụtara na nghọta chi ha.

- Gịnị bụ ngwaa mfe?

Ngwaa mfe bụ ngwaa ndị nwere naanị otu nkeji okwu n'isingwaa dị na ha. Ịma atụ:

si – O si Enugu/ O si ọrụ
ghe – O ghe oghe
gba – Obi gba aka

Ngwaa mfe ndị ọzọ bụ ndị a: bi, nọ, so, bụ, kwe, gbu, hụ, ri, dg.

- Gịnị bụ ngwaa ukwu?

Ngwaa ukwu bụ ngwaa ndị nwekarịrị otu nkeji okwu n'isingwaa ndị mebere ha. Ịma atụ:
gbute, rifo, bute, fopu, weba, richa, wepu dg.
bupute, weputa, richapụ, tachapụ, gbapụta, bubata dg.

# YUNIT 3 NKWUWA

## Ndịna

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọm kwem
3.4 Mmechi
3.5 Nchịkọta
3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 3.1 Mkpọlite

N’asụsụ Igbo, e nwere ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche ndị ọrụ ha dịkwa iche iche. E meela ka a ghọta na e nwere mkpụrụ okwu ndị bụ aha nwekwaa ndị ọrụ ha bụ ịkọwa aha. N’otu aka ahụ e nwere mkpụrụ okwu ndị bụ ngwaa ndị ọrụ ha bụ ikwu ihe mere n’ahịrị okwu, nwekwaa mkpụrụ okwu ndị ọrụ ha bụ ịkọwa ihe gbasara ngwaa n’ahịrị okwu. Na nkeji a, a ga-akọwa nkeji okwu a kpọrọ nkwuwa na ụdị ya n’asụsụ Igbo.

## 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ihe bụ nkwuwa
- inye ọmụmaatụ ụdị nkwuwa e nwere
- ịkọwa ọnọdụ nkwuwa n’ahịrị okwu

## 3.3 Ndịna Kpọm kwem

Nke a so na nkeji asụsụ Igbo. Ọrụ ya bụ ikọwa ngwaa n’ahịrị okwu. E nwere ụdị nkwuwa dị iche iche n’asụsụ Igbo mana ụdị ya niile na-akọwa ihe gbasara ngwaa. Lee ọmụmaatụ: ọsọọsọ, n’ike, ngwangwa, ọfụma, ọkụọkụ, nwayọọ.

### 3.3.1 Ụdị nkwuwa dị iche iche

1. **Nkwuwa oge** – na-ekwu maka oge ihe ji mee: n’ụtụtụ, mgbe anwụ na-acha, n’abalị, n’afọ a dg.
2. **Nkwuwa ebe** – na-ekwu maka ebe ihe nọrọ mee: n’Ọka, na Nsugbe, n’ala, na mmiri, n’ụlọ ụka.
3. **Nkwuwa agwa/etu-** na-ekwu maka etu ihe siri mee: n’iwe, ọfụma, ngwangwa, ọkụ ọkụ.
   Ọnọdụ nkwuwa n’ahịrị okwu na-abụkarị n’azụ ngwaa ma ngwaa gatachaa.

Ọ bịara **n' utụtụ/mgbe mmiri na-ezo/n'abalị**.

Nkwuwa nwere ike ịbụ mkpụrụ okwu ikpeazụ n'ahịrị okwu dị ka ọmụmaatụ ndị a gosiri.

(a) Ọ bịakwara n'abalị.
(b) O tiri ya ihe n'iwe.

Nkwuwa nwekara ike ịbụ mkpụrụ okwu mbụ n'ahịrị okwu

(a) Kwa ubọchi ka ọ na-abịa.
(b) N'afọ gara aga ka ọ lụrụ di.

N'ihi na e nweghị ụbara nkwuwa n'asụsụ Igbo, a na-ejikarị aha agbara nje emebe ya. Dị ka: ọkụọkụ, ọsọọsọ, gidigidi dg.

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ nkwuwa?
- Kedụ ụdị nkwuwa e nwere n'Igbo?
- Gịnị ka a na-ejikarị emebe nkwuwa n'asụsụ Igbo?

## 3.4 Mmechi

A kọwara na nkwuwa bụ nkeji asụsụ nke ọrụ ya bụ ịkọwa ngwaa n'ahịrị okwu. E zipụtara ụdị nkwuwa ụfọdụ ndị a: nkwuwa oge, nkwuwa etu, nkwuwa ebe. A kọwara na ọnọdụ nkwuwa na-abụkarị n'azụ ngwaa mana mgbe ụfọdụ ọ na-agbanwe ọnọdụ ya n'usoro okwu.

## 3.5 Nchịkọta

E lebara ihe banyere nkwuwa anya na nkeji a. A kọwara nkwuwa dị ka mkpụrụ okwu na-eme ka a mata ihe banyere ngwaa nke ọma. Nkwuwa ndị pụtakarịchara ìhè bụ nkwuwa maka oge, etu na ebe. N'ihi na asụsụ Igbo enweghị ụbara nkwuwa, a na-agba aha ụfọdụ nje iji mebe nkwuwa.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ nkwuwa?
2. Were atụ dabara kọwaa ụdị nkwuwa atọ doro gị anya.
3. Depụta ụdị aha iri e nwere ike iji mebe nkwuwa.
4. Gosipụta ọnọdụ dị iche iche nkwuwa nwere ike ịnọ n'ahịrị okwu.

## 3.6 Nrụtụaka/Ngụmi


Emenanjọ, N.E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S.O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsụka:University of Nigeria Press.

Ume, I.A.O., Ugoji, J.U., Dike, G.A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A.U., Ugochukwu, C.N., Ogwudile, C.E.C. & Ilechukwu, D.I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.


## 3.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ nkwuwa?

Nke a so na nkeji asụsụ Igbo. Ọrụ ya bụ ikọwa ngwaa n'ahịrị okwu. E nwere ụdị nkwuwa dị iche iche n'asụsụ Igbo mana ụdị ya niile na-akọwa ihe gbasara ngwaa. Lee ọmụmaatụ: ọsọọsọ, n'ike, ngwangwa, ọfụma, ọkụọkụ, nwayọọ.

- Kedụ ụdị nkwuwa e were n'Igbo?

**Ụdị nkwuwa dị iche iche**

i. **Nkwuwa oge** – na-ekwu maka oge ihe ji mee: n'ụtụtụ, mgbe anwụ na-acha, n'abalị, n'afọ a dg.
ii. **Nkwuwa ebe** – na-ekwu maka ebe ihe nọrọ mee: n'Ọka, na Nsugbe, n'ala, na mmiri, n'ụlọ ụka.
iii. **Nkwuwa agwa/etu-** na-ekwu maka etu ihe siri mee: n'iwe, ọfụma, ngwangwa, ọkụ ọkụ.

- Gịnị ka a na-ejikarị emebe nkwuwa n'asụsụ Igbo?

N'ihi na e nweghị ụbara nkwuwa n'asụsụ Igbo, a na-ejikarị aha agbara nje emebe ya. Dị ka: ọkụọkụ, ọsọọsọ, gidigidi dg.

## MODUL 4 MGBAKWỤNYE, NSỌKWỤNYE, MBUỤZỌ NA NJIKỌ

Modul 4 na-akọwa nkejiasụsụ mgbakwụnye, nsọkwụnye, mbuụzọ na njikọ. E nwere yunit anọ na modul a.


Yunit 1 Mgbakwụnye
Yunit 2 Nsọkwụnye
Yunit 3 Mbuụzọ
Yunit 4 Njikọ


## YUNIT 1 MGBAKWỤNYE

### Ndịna


1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwem
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.6 Nrụtụaka/Ngụmi
1.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe


### 1.1 Mkpọlite

N'asụsụ ọ bụla, e nwere nkeji asụsụ ndị gbara ọkpụrụkpụ nwee ndị agbaghị ọkpụrụkpụ. Nkeji asụsụ ndị gbara ọkpụrụkpụ ma ọ bụ ndị nnukwu gụnyere: mkpọaha, nkọwa, ngwaa na nkwuwa ebe ndị agbaghị ọkpụrụkpụ ma ọ bụ nkeji asụsụ nta gụnyere: mgbakwụnye, nsọkwụnye, mbuụzọ na njikọ. A kụziela ihe gbasara nkeji asụsụ ndị nnukwu na Yunit Amụmamụ ndị dị n'elu. N'ebe a, a ga-eleba anya na nkeji asụsụ nke a kpọrọ mgbakwụnye.

### 1.2 Mbunuche

E bu n'uche na ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ihe bụ mgbakwụnye
- ịkọwa ụdị mgbakwụnye e nwere
- Iji ezi atụ zipụta ụdị mgbakwụnye dị iche iche

## 1.3 Ndịna Kpọm kwem

Mgbakwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ nta e nwere n'Igbo. Ọ bụ eziokwu na mgbakwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ Igbo mana ọ naghị akwụrụ onwe ya. Dị ka aha ya siri dị, ọ bụ n'ahụ ngwaa ka ọ na-adabe iji zipụta nghọta. Mgbakwụnye nwere ngalaba ndị a:

- Nganihu
- Nsonaazụ
- Nnọnime
- Nnọnetiti

Mgbakwụnye abụghị mkpụrụ okwu n'ihi na ọ naghị enwe ike ịkwụrụ onwe ya. Dị ka aha ya siri dị, ọ bụrụ na ọ nọghị n'ihu isingwaa, ọ nọdụ n'azụ ya, n'ime ngwaa ma ọ bụ n'etiti ngwaa. A naghị akpọ mgbakwụnye mkpụrụ okwu. E nwere ike ịkpọ ya mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu. Ọ na-adị n'ụdị dị iche iche. O nwere ike ịbụ otu mkpụrụ edemede (mkpụrụ ụdaasusụ) ma ọ bụ karịa.

**Ịma atụ:**

**Nganihu** na-abụkarị otu mkpụrụ ụdaasụsụ dị ka: a, e, i, ị, ọ, ọ, m na n. Ọmụmatụ: a+ga, e+je, i+ri, i+ta (hụ ọmụmaatụ ndị e nyere maka ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche e si na ngwaa emepụta)

**Nsọnaazụ** na-abụkarị mkpụrụasụsụ nke nwere ike ịbụ mkpụrụasụsụ abụọ ma ọ bụ otu. ụdị ya na-abụkarị: -rV, -la, -ghị, -le, -a, -e

- rV = -ti<u>ri</u>, -chu<u>ru</u>, -se<u>re</u>,
- -la = -me<u>la</u>, ri<u>la</u>, rie<u>la</u>
- -le = -tee<u>le</u>, bute<u>le</u>
- -ghị = - ri<u>ghi</u>, je<u>ghi</u>, me<u>ghi</u>
- za<u>a</u>, ri<u>e</u>, me<u>e</u>

Mkpụrụasụsụ ndị a niile nwere mpụtara n'otu n'otu.

**Nnọnime**: - Ọnọdụ ya na-abụ n'ime ngwaa ebe e nwere nsonaazụ abụọ ma ọ bụ karịa dị ka:

- na-<u>ta</u>-ra
- ba-<u>ta</u>-ra
- bi-<u>pu</u>-<u>ta</u>-ra
- ba-<u>ta</u>-a

Mkpụrụ asụsụ nile a kara ihe n'okpuru bụcha nnọmime.

**Nnọnetiti**: Ụdị mgbakwụnye a bụ nke ọnọdụ ya na-abụ n'etiti mkpụrụ okwu iji kewaa ya ụzọ abụọ (nhatanha). Mgbe ọ bụla nnọnetiti batara na mkpụrụ okwu, ọ na-ekewa mkpụrụ okwu n'ụdị na ihe dị n'aka ekpe ga-adịkwa n'aka nri.

**Ịma atụ:**

Ede + m + ede,
Eri + m + eri,
Ogo+ l + ogo
Nha + ta + nha
Agụ + m + agụ

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ mgbakwụnye?
- Kedụ ndị bụ ngalaba mgbakwụnye?
- Depụta ọmụmaatụ nnọnetiti abụọ.

## 1.4 Mmechi

A kọwara mgbakwụnye dị ka otu n'ime nkeji asụsụ nta nke na-adabekarị na ngwaa iji mee ka ọrụ ya pụta ìhè. Mgbakwụnye bụ mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu nke a na-etinye na ngwaa iji nye nghọta a chọrọ. A naghị akpọ mgbakwụnye mkpụrụ okwu n'ihi na ọ naghị enwe ike ịkwụ naanị ya nwee ezigbo nghọta. Ọ bụ naanị n'ahụ ngwaa ka a na-agbakwụnye ya. E zipụtara ụdị mgbakwụnye anọ ndị a: nganihu, nsonazụ, nnọnime na nnọnetiti. E nyere ọmụmaatụ nke ọ bụla n'ime ha dị ka ọnọdụ ha si dị na mkpụrụ okwu.

## 1.5 Nchịkọta

E lebara ihe gbasara mgbakwụnye anya na nkeji a. A kụziri na mgbakwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ nta e nwere n'Igbo. Mgbakwụnye na-adabere na ngwaa iji mee ka ọrụ ya pụta ìhè. A kọwara ụdị mgbakwụnye anọ pụtara ìhè n'asụsụ Igbo. Mgbakwụnye abụghị mkpụrụ okwu n'ihi na o nweghị ike ịkwụrụ onwe ya nwee nghọta nke aka ya.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-maakị**

1. Gịnị bụ mgbakwụnye?
2. Depụta ma kọwaa ụdị mgbakwụnye anọ ị maara.
3. Mgbakwụnye abụghị mkpụrụ okwu. Gịnị bụ uche gị?

## 1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsụka:University of Nigeria Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz& Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 1.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ mgbakwụnye?

Mgbakwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ nta e nwere n'Igbo. Ọ bụ eziokwu na mgbakwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ Igbo mana ọ naghị akwụrụ onwe ya. Dị ka aha ya siri dị, ọ bụ n'ahụ ngwaa ka ọ na-adabe iji zipụta nghọta.

- Kedụ ndị bụ ngalaba mgbakwụnye?

Mgbakwụnye nwere ngalaba ndị a:

- Nganihu
- Nsonaazụ
- Nnọnime
- Nnọnetiti
- Depụta ọmụmaatụ nnọnetiti abụọ

**Ịma atụ:**

Ede + <u>m</u> + ede,
Eri + m + eri,
Ogo+ <u>l</u> + ogo
Nha + ta + nha
Agụ + m + agụ

# YUNIT 2 NSỌKWỤNYE

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwem
2.4 Mmechi
2.5 Nchịkọta
2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 2.1 Mkpọlite

Asụsụ dị iche iche nwere ụdị mkpụrụ okwu dị iche iche mejupụtara ha. Mkpụrụ okwu niile dị n'asụsụ nwegbadoro ọrụ pụtara ìhè ha na-arụ. Ụfọdụ mkpụrụ okwu na-akwụrụ onwe ha nwee nghọta nke aka ha, ebe ụfọdụ mkpụrụ okwu na-adabe na mkpụrụ okwu ndị kwụụrụ onwe ha iji tinyeso nghọta. Ụfọdụ mkpụrụ okwu kwa nwere mgbe ha na-anọrọ onwe ha na ndokọ okwu nwee nghọta nke ha, mana mgbe ụfọdụ kwa ha na-adabe n'ahụ mkpụrụ okwu ọzọ ka nghọta ha wee zuo oke. Nsọkwụnye so n'otu nkeji asụsụ nke na-agbanwe akparamagwa ya oge ụfọdụ. A ga-akọwa myiri na ndịiche dị n'etiti nsọkwụnye na mgbakwụnye.

## 2.2 Mbunuche

Na njedebe ihe ọmụmụ a, ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

1. ịkọwa ihe bụ nsọkwụnye
2. inye ọmụmaatụ nsọkwụnye dị iche ịche
3. ịkọwa ndịiche na myiri dị n'etiti nsọkwụnye na mgbakwụnye

## 2.3 Ndịna Kpọm kwem

Nsọkwụnye bụ otu n'ime nkeji asụsụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ mkpụrụ okwu na-etinyeso nghọta n'ahịrị okwu. O nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrị okwu, mana mgbe ọ bụla ọ na-eso ngwaa, a na-edekọ ya na ngwaa. Mgbe ọ na-esote mkpụrụ okwu ọzọ n'ahịrị okwu, a na-edesa ha edesa. Ụfọdụ nsọkwụnye e nwere n'Igbo gụnyere ndị a: cha, kwa, nụ, kwanụ, nọọ, zi, ga, rịị dg.
Lee nsọkwụnye ụfọdụ n'ahịrị okwu:

i. Akwụkwọ a <u>cha</u> bụ nke m.
ii. Onye <u>kwanụ</u> ka ị bụ?
iii. Onye bụ onye ahụ <u>kwa</u>?

iv. Oche ga ka ọ na-arụ.
v. Gini bụkwa nke a?
vi. Ọ bịara nọọ n’onwe ya.

Mkpụrụ okwu/mkpụrụ asụsụ ndị a kachara ihe n’okpuru bụcha nsọkwụnye. N’ahịrị okwu nke i, ii, iii na iv nsọkwụnye dị na ha bụ mkpụrụ okwu kwụụrụ onwe ha. N’ahịrị okwu nke v, na vi, nsọkwụnye dị na ha bụ mkpụrụ asụsụ a gbakwụnyere na ngwaa ha na-esote. Nsọkwụnye nwere ike ịnọ n’ahụ ngwaa naanị mgbe ọ na-eso ngwaa. A na-edekọ ya na ngwaa mgbe ọ bụla ọ na-eso ngwaa. Lee ọmụmụatụ ndị ọzọ:

rikwa, mekwa tikwu, bụcha, bụzi dg.
Nsọkwụnye nwere ike ịbata n’ebe ọ bụla n’ahịrị okwu dị ka e zipụtara n’ahịrị okwu ndị e jiri maa atụ n’elu. Mgbe ọ bụla nsọkwụnye nọọrọ onwe ya, ọ bụ mkpụrụ okwu nke aka ya nke nwekwara nghọta nke ya. Ụfọdụ ndị ọka mmụta na-asị na mgbakwụnye na nsọkwụnye bụ otu ihe, mana nke a abụghị eziokwu n’ihi ndịiche ndị a:

1. Mgbakwụnye bụ mkpụrụ asusụ, ọ naghị akwụrụ onwe ya ebe nsọkwụnye bụ mkpụrụ okwu nke nwere ike ịkwụrụ onwe ya n’ahịrị okwu mgbe ụfọdụ dị ka ahịrị okwu ndị na-esote si gosi:

(a) Oge na-agụ akwụkwọ kwa ụbọchị.
(b) Okeke kwu churu mmiri?
(c) Ọbụm na ụmụnne ya cha bịara.
(d) Ebee zi ka ọ gara?
(e) Kwa ụbọchi ka ọ na-agụ egwu

2. Nsọkwụnye na-egbatị nghọta ahịrị okwu mana mgbakwụnye na-agbatị nghọta ngwaa (mkpụrụ okwu).
3. Mgbakwụnye na-anọ naanị n’ahụ ngwaa mana nsọkwụnye nwere ike ịnọ n’ahụ ngwaa nakwa ebe ọ bụla ọzọ masịrị ya n’ahịrị okwu.

Ka nsọkwụnye na mgbakwụnye siri yite bụ na ha abụọ bụcha nkeji asụsụ e nwere n’asụsụ Igbo. Ọzọ bụ na nsọkwụnye na mgbakwụnye na-adabecha n’ahụ ngwaa.

**Nsọkwụnye ụfọdụ na mpụtara ha:**

| **Nsọkwụnye** | **Mpụtara** |
|---|---|
| Cha | ihe dum |
| dị/dụ/rị | mkparị/nleda anya |
| fụ | ugbu a |

| | |
|---|---|
| Ga | ihe dị ụbara |
| Kwa | ọzọ, mmenwo |
| nọọ | izu oke, ịtụnanya |
| nụ | igosi ụbara |
| nụ | arịrịọ, umeala na nsọpụrụ |
| Nwa | nkwusi ike |
| Zi | ọzọ, tinyere |
| Kwu | ọzọ, nleli , ịtụanya |
| Ri | n'agbanyeghị |

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ nsọkwụnye?
- Depụta nsọkwụnye ise na mpụtara ha.
- Kedụ mgbe e ji edekọ nsọkwụnye na ngwaa ọnụ?

## 2.4 Mmechi

Nkeji ọmụmụ ihe a lebara anya na nkeji asụsụ a kpọrọ nsọkwụnye. A kọwara nsọkwụnye dị ka mkpụrụ okwu ma ọ bụ mkpụrụ asụsụ na-etinyeso nghọta n'ahịrị okwu. Nsọkwụnye bụ mkpụrụ okwu mgbe ọ kwụụrụ onwe ya n'ahịrị okwu. Mgbe nsọkwụnye na-eso ngwaa n'ahịrị okwu, a na-akpọ ya mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu n'ihi na a na-edekọ ya na ngwaa ọnụ. Nsọkwụnye na mgbakwụnye na-eyite mgbe ụfọdụ n'ihi na ha na-adabekarị na ngwaa n'ahịrị okwu. Ebe ha si dị iche bụ na mgbakwụnye bụ naanị n'ahụ ngwaa ka ọ na anọ mana nsọkwụnye bụ naanị mgbe ọ na-eso ngwaa n'usoro okwu ka a na-edekọ ya na ngwaa mana a na-ede ya ka ọ nọọrọ onwe ya mgbe ọ na-eso mkpụrụ okwu ọzọ ọ bụla.

## 2.5 Nchịkọta

A kọwaala nsọkwụnye dị ka otu n'ime nkeji asụsụ nta e nwere n'Igbo. Nsọkwụnye na-etinyeso nghọta n'ahịrị okwu. Ọ bụ mkpụrụ okwu mgbe ọ kwụụrụ onwe ya ma ọ bụ na-esote mkpụrụ okwu ọzọ na-abụghị ngwaa n'usoro okwu. Mgbe ọ na-esote ngwaa, a na-akpọ ya mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ irighiri okwu. Mgbakwụnye na nsọkwụnye nwechara ka ha si metụta ngwaa.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Jiri mkpụrụ okwu nke gị kọwaa nsọkwụnye.
2. Were ahịrị okwu iri abụọ gosi ọmụmaatụ nsọkwụnye iri doro gị anya.
3. Olee ndịiche dị n'etiti nsọkwụnye na mgbakwụnye?

## 2.6 Nrụtụaka/Ngụmi


Emenanjo, E. N. (1999). Elements of Modern Igbo Grammar: A Descriptive Approach. Ibadan

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ezikeojiakụ, P. A. (1989). *Fọnọlọji na Ụtọasụsụ Igbo*. Ibadan: Macmillan Nigeria Publishers. Oxford University Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz&  Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.


## 2.6 Azịza Ajụjụ Nnwale

- Gịnị bụ nsọkwụnye?

Nsọkwụnye bụ mkpụrụ okwu na-etinyeso nghọta n’ahịrị okwu. O nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n’ahịrị okwu, mana mgbe ọ bụla ọ na-eso ngwaa, a na-edekọ ya na ngwaa. Mgbe ọ na-esote mkpụrụ okwu ọzọ n’ahịrị okwu, a na-edesa ha edesa. Ụfọdụ nsọkwụnye e nwere n’Igbo gụnyere ndị a: cha, kwa, nụ, kwanụ, nọọ, zi, ga, rịị dg.

- Depụta nsọkwụnye ise na mpụtara ha.

Nsọkwụnye ụfọdụ na mpụtara ha

| Nsọkwụnye | Mpụtara |
|---|---|
| Cha | ihe dum |
| dị/dụ/rị | mkparị/nleda anya |
| fụ | ugbu a |
| Ga | ihe dị ụbara |
| Kwa | ọzọ, mmenwo |
| nọọ | izu oke, ịtụnanya |
| nụ | igosi ụbara |
| nụ | arịrịọ, umeala na nsọpụrụ |

| | |
|---|---|
| Nwa | nkwusi ike |
| Zi | ọzọ, tinyere |
| Kwu | ọzọ, nleli , ịtụanya |
| Ri | n'agbanyeghị |

- Kedụ mgbe e ji edekọ nsọkwụnye na ngwaa ọnụ?

Nsọkwụnye nwere ike ịnọ n'ahụ ngwaa naanị mgbe ọ na-eso ngwaa. A na-edekọ ya na ngwaa mgbe ọ bụla ọ na-eso ngwaa.

# YUNIT 3 MBUỤZỌ

**Ndịna**


3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọm kwem
3.4 Mmechi
3.5 Nchịkọta
3.6 Nrụtụaka/Ngụmi
3.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe


## 3.1 Mkpọlite

Ọrụ mkpụrụ okwu dị n'asụsụ dị iche iche. Ọ bụ ọrụ mkpụrụ okwu ọbụla ga-ekwu nkeji asụsụ ma ọ bụ otu mkpụrụ okwu ọ ga-adaba na ya. A kụziri na e nwere mkpụrụ okwu ndị ọrụ ha bụ inye ihe ọ bụla aha; a kpọrọ ha mkpọaha. E nwekwara ụdị mkpụrụ okwu ndị na-ebutere mkpọaha ụzọ n'ahịrị okwu nke a na-akpọ mbuụzọ. A ga-akụzi maka mbuụzọ na ka e si ezipụta ya n'asụsụ Igbo.

## 3.2 Mbunuche

Na njedebe nkụzi a, ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa ihe bụ mbuụzọ
- iji ezi atụ zipụta odide mbuụzọ n'ọnọdụ dị iche iche

## 3.3 Ndịna Kpọm kwem

Mbuụzọ bụ otu n'ime nkeji asụsụ e nwere. Ọ na-egosi mmekọrịta dị n'etiti mkpọaha na ibe ya.
N'ahịrịokwu, mbuụzọ na-ebu ụzọ tupu mkpọaha a na-esote. Ọ bụ naanị 'na' ka e ji ezipụta mbuụzọ n'Igbo na mbụ mana ugbu a, a chọpụtala mkpụrụ okwu ndị ọzọ na-arụkwa ọrụ dị ka mbụụzọ n'Igbo dị ka: maka, gbasara, banyere, tupu dg..

Mgbe 'na' na-arụ ọrụ mbuụzọ; ọ bụ mkpụrụ okwu na-esote ya ga-ekwu etu a ga-esi dee ya. ọ bụrụ na okwu na-eso 'na' jiri ụdaume malite, a na-ewepu 'a' dị na ya were rịkọm elu dochie ya.
Ịma atụ:

(a) Mmiri dị <u>n'iko</u>.
(b) Mmanụ tere <u>n'akwa</u> ya.
(c) Tinye aka <u>n'ọnụ</u>.

Mgbe mkpụrụ okwu na-eso 'na' jiri mgbochiume ma ọ bụ myiriụdaume bido, a na-ederu 'na' n'isi.

**Ịma atụ:**

(a) A mụrụ ya <u>na Lagos</u>.
(b) Ha bi <u>na Nanka</u>.
(c) Ngọzị sara ahụ <u>na mmiri</u>.
(d) Tinye ji na ede <u>na nkata</u>.

N'ahịrị okwu ndị dị n'elu, 'Legọs' na 'Nanka' jiri mgochiume bido, ebe 'mmiri' na nkata jiri myiriụdaume wee malite.

(a) Ọ bịara <u>maka</u> akwụkwọ ya.
(b) Ihe <u>banyere/gbasara</u> gị dị m mkpa.
(c) O riri nri <u>tupu</u> ọ rahụ ụra.

Mkpụrụ okwu ndị a kara ihe n'okpuru n'ahịrị okwu ndị a bụcha mbuụzọ dị ka ọrụ ha siri dị n'ebe ha nọ. Ọ dị mkpa ka a mata na mkpụrụ okwu ndị a nwekwara ike irụ ọrụ ọzọ na-abụghị ọrụ mbuụzọ.

**Ịma atụ:**

maka, banyere na gbasara nwekwara ike ịrụ orụ dị ka ngwaa:

Ọmụmụatụ:

(a) Ọ <u>banyere</u> n'ụlọ.
(b) Eze <u>gbasara</u> aka ya.
(c) Nebuwa <u>amaka</u> akwụkwọ.

N'ahịrị okwu ndị a, 'banyere', gbasra na 'amaka' bụcha ngwaa, ha na-esokirido aha n'ahịrị okwu. Mana mgbe ha na-arụ ọrụ dị ka mbuụzọ, a ga-enwerịrị ngwaa ọzọ n'ahịrị okwu ahụ iji gosi na ha abụghị ngwaa. Mgbe ha bụ ngwaa n'ahịrị okwu, a naghị enwe ngwaa ọzọ beluso ma ahịrị kwu ahụ abụghị ahịrị mfe. Ọzọ bụ na ụdolu ha na-agbanwe mgbe ha na na-arụ ọrụ ndị a.

**Nnwale Onwe:**

- Chọpụtazie ụdaolu mkpụrụokwu ndị a: amaka/maka, gbasara, banyere mgbe ha na-arụ ọrụ mbuụzọ na mgbe ha na-arụ orụ ngwaa site n'inye ọmụma atụ ha n'ahịrị okwu dabara nke ọma.

## 3.4 Mmechi

A kụziri na mbuụzọ bụ otu n’ime nkeji asụsụ nta dị n’asụsụ Igbo. Ọ bụ mkpụrụ okwu e ji ezipụta mmekọrịta dị n’etiti mkpọaha na ibe ya n’ahịrị okwu. A na-eji naanị ‘na’ nke a na-edepụta n’ụzọ abụọ ezipụta mbuụzọ n’Igbo. E wepụ iji ‘na’ mebe mbuụzọ, e nweela mkpụrụ okwu ndị ọzọ na-arụ ọrụ mbuụzọ n’Igbo. Ha bụ: maka, banyere, tupu, n’ihi dg.

## 3.5 Nchịkọta

nkeji a, a kọwara mbuụzọ dị ka mkpụrụ okwu na-ebutere mkpọaha ụzọ n’ahịrị okwu. Ọ bụ ‘na’ bụ mbuụzọ e nwere n’Igbo kpọmkwem. Mkpụrụ okwu na-esote ‘na’ n’ahịrị okwu ga-ekwu ka a ga-esi de ‘na’ dị ka mbuụzọ. Ọ bụrụ na mkpụrụ okwu na-esote ‘na’ jiri ụdaume bido, a ga-ewepụ ‘a’ dị na ‘na’ were rịkọm elu dochie anya ya mana ọ bụrụ na mkpụrụ okwu na-esote ‘na’ jiri mgbochiume ma ọ bụ myiriụdaume malite, a na-ederu ‘na’ n’isi. E zipụtakwara mkpụrụ okwu ndị ọzọ na-arụ ọrụ dị ka mbuụzọ n’asụsụ Igbo.

### Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị

1. Kọwaa ihe ị ghọtara bụ mbuụzọ.
2. Olee ụzọ ihe atọ na-egosi ka e si edepụta mbuụzọ n’asụsụ Igbo?
3. Were mkpụrụ okwu ndị a mebe ahịrị okwu iri na abụọ iji gosi ọrụ ha dị ka mbuụzọ:

   (a) banyere
   (b) site
   (c) maka
   (d) n’ihi na

4. Depụta mkpụrụ okwu ise ndị nwere ike ịrụ ọrụ dị ka mbuụzọ n’asụsụ Igbo ma e wepụ ndị e jiri maa atụ n‘elu.

## 3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ezikeojiakụ, P. A. (1989). *Fọnọlọji na Ụtọasụsụ Igbo*. Ibadan: Macmillan Nigeria Publishers.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 3.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Chọpụtazie ụdaolu mkpụrụokwu ndị a: amaka/maka, gbasara, banyere mgbe ha na-arụ ọrụ mbuụzọ na mgbe ha na-arụ orụ ngwaa site n'inye ọmụma atụ ha n'ahịrị okwu dabara nke ọma.
- Ndị a kara ihe n'okpuru na-arụ ọrụ mbuụzo ebe a
  - (a) Ọ bịara màkà akwụkwọ ya.
  - (b) Ihe gbàsárá gị dị m mkpa.
  - (c) Okwu bànyéré ala ahụ ka a kpụ n'ọnụ
- N a kara ihe n'okpuru na-arụ ọrụ dị ka ngwaa ebe a
  - (a) Ọ bànyèrè n'ụlọ.
  - (b) Eze gbásàrà aka ya.
  - (c) Nebuwa àmáká akwụkwọ.

# YUNIT 4 NJIKỌ

## Ndịna

4.1 Mkpọlite
4.2 Mbunuche
4.3 Ndịna Kpọm kwem
4.4 Mmechi
4.5 Nchịkọta
Ihe Omume
4.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 4.1 Mkpọlite

N’asụsụ Igbo, e nwere mkpụrụ okwu ndị ọrụ ha bụ ijikọ mkpụrụ okwu ndị ọzọ n’ụdị na kwa n’ogo dị iche iche. Mkpụrụ okwu niile na-arụ ọrụ ijikọ mkpụrụ okwu na ndokọ okwu n’ogo dị iche iche ka a na-akpọ njikọ.

## 4.2 Mbunuche

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ụmụ akwụkwọ ga-enwe ike:

- ịkọwa njikọ
- ịkọwa ụdị njikọ e nwere na kwa inye ọmụmaatụ nke ọ bụla

## 4.3 Ndịna Kpọm kwem

Njikọ bụ mkpụrụ okwu na-ejikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu ibe ya na ndokọ okwu**.** O nwere ike ijikọ aha na aha, nkebi okwu na nkebi okwu, nkebi ahịrị na nkebi ahịrị, ahịrị okwu na ahịrị okwu. Ụfọdụ njikọ e nwere n’asụsụ Igbo gụnyere ndị a: **na, ka, ma, tupu, kama, mana, maka, n’ihi** dg.

### Njikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu

(a) Ada <u>na</u> Obi
(b) Ewu <u>na</u> ọkụkọ
(c) Ọka <u>na</u> ube
(d) Ji <u>na</u> ede
(e) Okwu <u>na</u> ụka

### Njikọ nkebi okwu na nkebi okwu

(a) Onye ọcha <u>na</u> ụmụ ya
(b) Ụlọ ụka <u>na</u> ụlọ akwụkwọ

(c) Onye elu ma onye ala
(d) Nke gị na nke m

**Njikọ nkebi ahịrị na nkebi ahịrị**

(a) Ebe ọ nọ na ebe ha nọ
(b) Onye a na-ekwu maka ya na ihe e kwuru
(c) Ihe onye nwere ma nke o nweghị

**Njikọ ahịrị okwu na ahịrị okwu**

(a) Nne siri nri mana o righị ya.
(b) O nyere ya ego kama ọ naraghị ya.
(c) Ike gwụrụ ya maka o jere ahịa
(d) E tiri ihe mana o beghi akwa

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ njikọ?
- Depụta mkpụrụ okwu ise na-arụ ọrụ njikọ n'Igbo.
- Kedụ ihe ndị ahụ njikọ nwere ike ijikọ n'okwu?

## 4.4 Mmechi

Na nkeji a, a kọwara ihe bụ njikọ na ọrụ ya n'asụsụ Igbo. E zipụtara ụfọdụ njikọ ndị a: na, ka, ma, tupu, kama, mana, maka, n'ihi dg. Njikọ nwere ike ijikọ mkpụrụ okwu, nkebi okwu, nkebi ahịrị, na ahịrị okwu.

## 4.5 Nchịkọta

Njikọ bụ mkpụrụ okwu ndị ọrụ ha bụ ijikọ mkpụrụ okwu ndị ọzọ n'usoro okwu. E nyere ọmụmaatụ ụfọdụ njikọ dị n'asụsụ Igbo na ahịrị okwu ebe ha na-arụ ọrụ.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ njikọ?
2. Depụta mkpụrụ okwu iri na-arụ ọrụ njikọ n'Igbo.
3. Were njikọ ndị I depụtara n'ajụjụ nke abụọ mebe ahịrị okwu iri abụọ ndị ga-egosi

(a) njikọ nkebi ahịrị na nkebị ahịrị
(b) njikọ ahịrị okwu na ahịrị okwu

## 4.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ezikeojiakụ, P. A. (1989). *Fọnọlọji na Ụtọasụsụ Igbo*. Ibadan: Macmillan Nigeria Publishers.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị*. Awka: Divine Press.

## 4.6 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ njikọ?
  Njikọ bụ mkpụrụ okwu na-ejikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu ibe ya na ndokọ okwu**.** O nwere ike ijikọ aha na aha, nkebi okwu na nkebi okwu, nkebi ahịrị na nkebi ahịrị, ahịrị okwu na ahịrị okwu.
- Depụta mkpụrụ okwu ise na-arụ ọrụ njikọ n’Igbo.
- Ụfọdụ njikọ e nwere n’asụsụ Igbo gụnyere ndị a: **na, ka, ma, tupu, kama, mana, maka, n’ihi,** dg.
- Kedụ ihe ndị ahụ njikọ nwere ike ijikọ n’okwu?

nwere ike ijikọ aha na aha, nkebi okwu na nkebi okwu, nkebi ahịrị na nkebi ahịrị, ahịrị okwu na ahịrị okwu.

# MODUL 5 USORO OKWU

Modul 1, 2, 3 na 4 kọwara maka nkejiasụsụsụ di iche iche. Na Modul 5 a, a ga-eleba anya na nkọwa usoro okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Modul a nwere yunit atọ.

Yunit 1 Nkebi okwu
Yunit 2 Nkebi ahịrị
Yunit 3 Ahịrị okwu

## Yunit 1 Nkebi Okwu

### Ndịna

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwem
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.6 Nrụtụaka/Ngụmi
1.7 Ajụjụ Nnwale Onwe

### 1.1 Mkpọlite

E nwere ike idokọ mkpụrụ okwu n'ogo dị iche iche iji mebe usoro okwu. Mgbe ọ bụla mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ atọ bịakọrọ ọnụ a na-enwete ụdị usoro okwu dị iche iche. Usoro okwu a na-emepụta nwere ike nwee nghọta ma ọ bụ ghara inwe ezigbo nghọta. Ihe dị mkpa bụ ka a mata na mgbe ọ bụla e dokọrọ ụdị mkpụrụ okwu abụọ ọnụ na a na-emebe usoro okwu. Nke a pụtara na ụdị mkpụrụ okwu e dokọrọ ọnụ ga-ekwu ụdị usoro okwu a ga-emepụta. N'ebe a, a ga-akọwa usoro okwu nke a kpọrọ nkebi okwu.

### 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha ọmụmụ ihe a, a ga-enwe ike:

- ịkọwa nkebi okwu
- ịkọwa njirimara nkebi okwu
- ịtụle ụdị nkebi okwu na ọmụmaatụ nke ọ bụla

### 1.3 Ndịna Kpọm kwem

Nkebi okwu dị ka aha ya siri dị bụ okwu e kebiri ekebi nke nghọta ya ezughị oke. Ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa nke gbasoro ezigbo

usoro mana nghọta ya anaghị ezu ime ka ọ kwụụrụ onwe ya. Nkebi okwu ga-abụrịrị aha ma ọ bụ nnọchiaha na mkpụrụ okwu ọzọ. Ọnọdụ nkebi okwu na-abụkarị n'isi ahịrị ma ọ bụ na mmeju. Ọ bụ mkpụrụ okwu nke mbụ dị na nkebi okwu, na-enye nkebi okwu aha ya. E nwere ụdị nkebi okwu ndị a n'Igbo:

1. Nkebi okwu keaha
2. Nkebi okwu kenkọwaaha
3. Nkebi okwu kembuụzọ
4. Nkebi okwu kenrụaka
5. Nkebi okwu kengwaa
6. Nkebi okwu kemfinitivu
7. Nkebi okwu kenkwuwa
8. Nkebiokwu kejerọnd

**Ọmụmaatụ nkebi okwu keaha:**

- Ụlọ akwụkwọ anyị
- Nne na nna m
- Akwụkwọ ego Naịjiria

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kenkọwa aha:**

- Ewu ojii
- Onye ọcha
- Ihe ọma

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kembuụzọ:**

- na mmiri
- n'Aba
- na Legọs
- n'ekwughi okwu
- banyere m
- maka ya

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kenrụaka:**

- oche ahụ
- ụlọ a
- ihe ndị ahụ

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kengwaa:**

- siri nri

- jere ahịa
- na-ekwu okwu
- ga na-erube isi

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kemfinitivu:**

- iri nri
- ịkụ aka
- ịta akị
- ikwu ezi okwu

**Ọmụmaatụ nkebi ahịrị kenkwuwa:**

- mgbe mmiri na-ezo
- oge ọ na-apụ
- ka m batara

**Ọmụmaatụ nkebi okwu kejerọnd:**

- Oriri nri
- Ọgụgụ akwụkwọ
- Omume ihe

**Nnwale Onwe**

- Chọpụta ụdị nkebi okwu ndị ọzọ e nwere n'Igbo na ọmụmaatụ ha.

## 1.4 Mmechi

Na nkeji ọmụmụ ihe nke a, e lebara anya na nkebi okwu. A kọwara nkebi okwu dị ka ndokọ mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ atọ nke nghọta ya na-ezughị oke. E jiri ọmụmaatụ zipụta ụdị nkebi okwu ndị a: nkebi okwu keaha, nkebi okwu kenkọwaaha, nkebi okwu kembuụzọ, nkebi okwu kenrụaka, nkebi okwu kengwaa, nkebi okwu kemfinitivu, nkebi okwu kenkwuwa na nkebiokwu kejerọnd.

## 1.5 Nchịkọta

Nkebi okwu bụ otu n'ime usoro okwu e nwere n'asụsụ. Ndokọ nkebi okwu na-adaba mana nghọta ya anaghị ezu oke. A rụtụrụ ụdị nkebiokwu dị iche iche aka site n'ọmụmaatụ ha.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. Gịnị bụ nkebi okwu?
2. Were ọmụmaatụ ise na nke ọ bụla gosi ụdị nkebi okwu ise doro gị anya.

## 1.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ezikeojiakụ, P. A. (1989). *Fọnọlọji na Ụtọasụsụ Igbo*. Ibadan: Macmillan Nigeria Publishers.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.

## 1.7 Ajụjụ Nnwale Onwe

- Chọpụta ụdị nkebi okwu ndị ọzọ e nwere n'Igbo na ọmụmaatụ ha.

  i. Nkebi okwu kenjikọ Imt. Mana a chọghị m.
  ii. Nkebi okwu kentimkpu Imt. nwa oo!
  iii. Nkebi okwu kenjaike Imt. onye nwere ntị, onye nwere ntị
  iv. Nkebi okwu kenziole Imt. niile bịara

# YUNIT 2 NKEBI AHỊRỊ

**Ndịna**

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwem
2.4 Mmechi
2.5 Nchịkọta
2.6 Nrụtụaka/Ngụmi
2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

## 2.1 Mkpọlite

Na nkeji nke abụọ, e lebara anya na nkebi okwu na ụdị ya dị iche iche. Etu mkpụrụ okwu dị iche iche si abịakọta ọnụ iji mepụta nkebi okwu ka ha si abịakọtakwa iji mebe nkebi ahịrị. A ga-akọwa nkebi ahịrị, njirimara ya na ụdị ya dị iche iche n'ebe a.

## 2.2 Mbunuche

A ga-enwe ike:

- ịkọwa nkebi ahịrị na njirimara ya
- inye ọmụmaatụ ụdị ya dị iche iche

## 2.3 Ndịna Kpọm kwem

Nkebi ahịrị bụ mkpụrụ okwu ole na ole dị n'usoro mana ọ bụghị ahịrị okwu zuru oke. Dị ka aha ya si dị, a na-ahụ nkebi ahịrị n'ime ahịrị okwu zuru oke. E nwere ụdị nkebi ahịrị abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ: nkebi ahịrị nnọrọ onwe (isi nkebi ahịrị) na nkebi ahịrị ndabe. Dị ka Ngọesi (2000) si kọwaa, ahịrị okwu nwekarịrị otu echiche na-enwe usoro okwu nke chịkọtara echiche ndị ọzọ dị n'ahịrị okwu ahụ nke ọ ga-abụ e kewapụta ọ kwụụrụ onwe ya nwee nghọta zuru oke dị ka ahịrị okwu. Usoro okwu ọ bụla dị n'ime ahịrị okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ya nke nkebi ahịrị ndị ọzọ na-adabere na ya ka a na-akpọ isi nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị nnọrọ onwe. Lee ọmụmaatụ isi nkebi ahịrị dị ka Ngoesi depụtara ha:

1. <u>Dinta gburu enwe</u> nke mabatara n'ụlọ ya.
2. <u>O chefuru ọgụ ya</u> ebe o jere ugbo.
3. <u>Nkịta</u> a zụrụ nke ọma <u>na-echekwa ụlọ</u>.
4. <u>Onye isi ala nyere iwu</u> ka a na-edote obodo ọcha

N'ahịrị okwu ndị e jiri maa atụ, nkebi ahịrị ndị a kara ihe n'okpuru bụcha isi nkebi ahịrị ma ọ bụ nkebi ahịrị nke nnọrọ onwe ebe ndị a kaghị ihe n'okpuru bụcha nkebi ahịrị nke ndabe. E nwere
nkebi ahịrị ndabe ndị a n'asụsụ Igbo:

1. Nkebi ahịrị ndabe keaha
2. Nkebi ahịrị ndabe kenkọwaaha
3. Nkebi ahịrị ndabe kenkwuwa

A ga-enyezi ọmụmaatụ ụdị nkebi ahịrị ndabe ndị e depụtara n'ebe a.
Nkebi ahịrị ndabe keaha na-ezipụta aha ihe a na-ekwu maka ya. O nwere ike ịnọ n'isi ahịrị ma ọ bụ na mmeju dị ka nnara. Ka e si achọpụta ya bụ site n'ịjụ onye? Ma ọ bụ gini?

**Ịma atụ:**

- Ọ gwara onye nkuzi na akwụkwọ ya furu
- Ngọzị chọrọ ka a gbaghara ya
- Ha kọwara ka ihe niile siri mee

**Nkebi ahịrị ndabe kenkọwaaha** bụ ụdị nkebi ahịrị nke na-enye nkọwa maka ihe a na-ekwu maka ya. A na-esite n'ịjụ ajụjụ 'kedụ ụdị' ma ọ bụ 'kedụ nke' achọpụta ya.

**Ịma atụ:**

- Nwata ọ bụla maara ihe na-abara onwe ya uru
- Nwaanyị ahụ nke ji mkpọ na-akpọ gị
- Bunye ya oche nke dị ogologo

**Nkebi ahịrị ndabe kenkwuwa** bụ nke na-ekwu maka ngwaa. Ọ na-eme ka a mata ka ihe siri mee, oge ihe jiri mee, ihe kpatara ihe jiri mee ma ọ bụ ebe ihe mere.

**Ọmụmaatụ:**

- Ha jere ụka ụbọchị uka
- Nna ya pịara ya ihe maka ime isi ike
- Ọ gụrụ akwụkwọ na mba Amerịka
- Anyị ga-arụ nnukwu ụlọ ma anyị nwee ezigbo ego

**Nnwale Onwe**

- Gịnị bụ nkebiahịrị?
- Gịnị bụ isi nkebiahịrị?

- Kọwaa ihe bụ nkebịahịrị ndabe.

## 2.4 Mmechi

Na Yunit amụmamụ a, e lebara anya na nkebi ahịrị. A kọwara ụdị nkebi ahịrị abụọ pụtara ìhè: nkebi ahịrị nnọrọ onwe na nkebi ahịrị ndabe. E mere ka a ghọta na nkebi ahịrị ndabe na-adabere na nkebi ahịrị nnọrọ onwe iji zipụta nghọta. Isi nkebi ahịrị ma ọ bụ nkebi ahịrị nnọrọ onwe na-enwe nghọta nke aka ya. E zipụtara ụdị nkebi ahịrị ndabe atọ ndị a: nkebi ahịrị ndabe keaha, kenkọwaaha na kwa kenkwuwa.

## 2.5 Nchịkọta

A kọwara maka nkebi ahịrị na nkeji a. E zipụtara ụdị nkebi ahịrị pụtara ìhè: nkebi ahịrị ndabe na nkebi ahịrị nnọrọ onwe. Nkebi ahịrị ndabe na-egosi onwe ya n'ụzọ atọ: nkebi ahịrị keaha, nkebi ahịrị kenkọwaaha na nkebi ahịrị kenkwuwa. Nkebi ahịrị ndị a na-adaberecha n'isi nkebi ahịrị iji nye nghọta a chọrọ.

## Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị

1. Olee ndịiche dị n'etiti nkebi ahịrị nnọrọ onwe na nkebi ahịrị ndabe?
2. Nye ọmụmaatụ ise ise na-adịghị n'akwụkwọ a maka ndị a:

(a) Nkebi ahịrị ndabe keaha
(b) Nkebi ahịrị ndabe kenkọwaaha
(c) Nkebi ahịrị ndabe kenkwuwa

## 2.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ngoesi, M. C. (2000). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo*. (Revised Third Millenium edition). Nkpor: Optimal Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz& Manilas Publishers.

Ụba-Mgbemena, A. (2009). *Ntọala Usoroasụsụ Igbọ*. Ibadan: Pacific Publishers

## 2.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Gịnị bụ nkebiahịrị?

Nkebi ahịrị bụ mkpụrụ okwu ole na ole dị n'usoro mana ọ bụghị ahịrị okwu zuru oke. Dị ka aha ya si dị, a na-ahụ nkebi ahịrị n'ime ahịrị okwu zuru oke. E nwere ụdị nkebi ahịrị abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ: nkebi ahịrị nnọrọ onwe (isi nkebi ahịrị) na nkebi ahịrị ndabe. Dị ka Ngọesi (2000) si kọwaa, ahịrị okwu nwekarịrị otu echiche na-enwe usoro okwu nke chịkọtara echiche ndị ọzọ dị n'ahịrị okwu ahụ nke ọ ga-abụ e kewapụta ọ kwụụrụ onwe ya nwee nghọta zuru oke dị ka ahịrị okwu

- Gịnị bụ isi nkebiahịrị?

Usoro okwu ọ bụla dị n'ime ahịrị okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ya nke nkebi ahịrị ndị ọzọ na-adabere na ya ka a na-akpọ isi nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị nnọrọ onwe. Lee ọmụmaatụ isi nkebi ahịrị dị ka Ngoesi depụtara ha:

i. <u>Dinta gburu enwe</u> nke mabatara n'ụlọ ya.
ii. <u>O chefuru ọgụ ya</u> ebe o jere ugbo.

- Kọwaa ihe bụ nkebịahịrị ndabe.

Nkebịahịrị ndabe bụ usoro okwu ndị ahụ na-adabere n'isi nkebiahịrị n'ime ahịrịokwu.

**Ịma atụ:**

**Nkebiahịrị Ndabe Keaha**

- Ọ gwara onye nkuzi <u>na akwụkwọ ya furu</u>
- Ngọzị chọrọ <u>ka a gbaghara ya</u>

**Nkebi ahịrị ndabe kenkọwaaha** bụ ụdị nkebi ahịrị nke na-enye nkọwa maka ihe a na-ekwu maka ya. A na-esite n'ịjụ ajụjụ 'kedụ ụdị' ma ọ bụ 'kedụ nke' achọpụta ya.

**Ịma atụ:**

- Nwata ọ bụla <u>maara ihe</u> na-abara onwe ya uru
- Nwaanyị ahụ <u>nke ji mkpọ</u> na-akpọ gị

**Nkebi ahịrị ndabe kenkwuwa** bụ nke na-ekwu maka ngwaa. Ọ na-eme ka a mata ka ihe siri mee, oge ihe jiri mee, ihe kpatara ihe jiri mee ma ọ bụ ebe ihe mere.

**Ọmụmaatụ:**

- Ha jere ụka ubọchị uka
- Nna ya pịara ya ihe maka ime isi ike

# YUNIT 3 AHỊRỊ OKWU NA ỤDỊ YA

## Ndịna

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọm kwem
3.4 Mmechi
3.5 Nchịkọta
3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

## 3.1 Mkpọlite

Ihe mejupụtara asụsụ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche na-arụ ọrụ dị iche iche. Ọ bụ mkpụrụ okwu ndị asụsụ nwere ka e ji asụ asụsụ. Mgbe a na-asụ asụsụ, ọ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche dị n'asụsụ ka e ji asụ ya. Ịsụ asụsụ bụ idokọta mkpụrụ okwu asụsụ nwere ọnụ n'ụzọ asụsụ nabatara iji zipụta nghọta. A ga-eleba anya n'ogo ndokọ okwu nke a kpọrọ ahịrị okwu n'ebe a. A ga-ezipụta ụdị ahịrị okwu dị iche iche na njirimara ha.

## 3.2 Mbunuche

A tụrụ anya na e mesịa ihe ọmụmụ a, na ụmụ akwụkwọ ga:

- akọwa ihe bụ ahịrị okwu
- akọwa ụdị ahịrị okwu e nwere
- nye ọmụmaatụ ụdị ahịrị okwu ọ bụla

## 3.3 Ndịna Kpọm kwem

Ahịrị okwu bụ usoro okwu nwere nghọta zuru oke. O nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa ndị e dokoro n'ezi usoro iji nye nghọta zuru oke.

N'asụsụ Igbo e nwere ụdị ahịrị okwu ndị a:

1. Ahịrị mkpụrụ okwu
2. Ahịrị mfe
3. Ahịrị nha
4. Ahịrị nhaukwu

Ọ dị mkpa ka a mata na asụsụ ọ bụla nwere usoro ndokọ ahịrị okwu nke ya. N'otu asụsụ, e nwere usoro ahịrị okwu na-apụtakarịcha ihe nwezie usoro ndapụta. Usoro ahịrị okwu nke asụsụ Bekee na-agbosokarị bụ nke a kpọrọ SVO (subject Verb Object). N'otu aka ahụ asụsụ Igbo na-agbasokarịkwa usoro a – isiahịrị, ngwaa na mmeju. Mgbe ụfọdụ ihe bụ

ahịrị okwu n'otu asụsụ nwere ike ghara ịbụ ahịrị okwu n'asụsụ ọzọ. Ya bụ, ọ dị mkpa ịmata iwu na-achị asụsụ ọ bụla iji mee nke ọma na ya bụ asụsụ.

**Ahịrị mkpụrụ okwu**

Nke a bụ ụdị ahịrị okwu nke ihe mebere ya bụ naanị otu mkpụrụ okwu. Ihe e ji akpọ ụdị mkpụrụ okwu a ahịrị okwu bụ n'ihi na o nwere nghọta zuru oke, onye ọ bụla maara asụsụ Igbo anaghị enwe mgbagwoju anya ịghọta ihe ha pụtara.
Ịma atụ:
Ndeewo, Daalụ, Deeme, Bịanụ, Riwe , Cherekwa, Hapụgodu, Bịa, Jewe, Batanụ, Batawa, Nnọọnu, Ee, Mba dg.

A na-eji nnukwu mkpụrụedemede amalite ha iji gosi na ha bụ ahịrị okwu.

**2. Ahịrị mfe**

Nke a bụ ahịrị okwu nwere otu echiche ma ọ bụ otu nghọta pụtara ìhè. Ọ na-enwe otu ngwaa zuru oke. Mgbe ụfọdụ o nwere ike inwe ngwaa abụọ mana otu ga-abụrịrị ngwaa zuru oke ebe ngwaa ọzọ ga-abụ nke na-enye aka ime ka nghọta ahịrị okwu zue oke.

**Ọmụmaatụ:**

a. Anyị dị mma.
b. Ike agwụla gị.
c. Ole ka ha dị?
d. Nwaanyị ahụ dị ime amụọla nwa.

Ahịrị a - c nwechara otu ngwaa mana ahịrị d nwere ngwaa abụọ 'dị' na 'amụọla'. Ngwaa nke zuru oke bụ 'amụọla' n'ihi na ọ bụ ya mere ka a mara ihe mere n'ahịrị okwu kpọmkwem. Mana ngwaa 'dị' na-enye aka ịmata nwaanyị nke a na-ekwu maka ya. Ọ bụrụ na e wepụ 'dị ime' n'ahịrị okwu ahụ, ọ ka ga-enwe nghọta zuru oke – "Nwaanyi ahụ amụọla nwa".

**3. Ahịrị ukwu**

Ụdị ahịrị okwu a na-enwe ngwaa abụọ ma ọ bụ karịa. Ọ na-egosi ihe nwere ike ime n'usoro. Ngwaa dị n'ahịrị okwu na-egosi nghọta ole ahịrị okwu nwere. Dị ka aha ahịrị okwu a siri dị, ọ na-egosi ahịrị nwekarịrị otu nghọta e jikọrọ ọnụ. Ahịrị ukwu na-enwe opeka mpe nkebi ahịrị abụọ, otu nkebi ahịrị na-abụ nke nnọrọonwe ebe nke ọzọ na-abụ nke ndabe.

**Ịma atụ:**

a. Anyị ga-aga, mgbe ha bịara
b. Ọ ga-ezu ike, ma-ike gwụ ya
c. Nneka hụrụ ha, mgbe ha na-eri nri

**4. Ahịrị nha**

Ahịrị nha bụ ụdị ahịrị okwu nwere ahịrị nnọrọonwe abụọ ma ọ bụ karịa. Ahịrị ndị a bụ ndị ga-akwụrụ onwe ha, nwee ezi nghọta. Mgbe ụfodụ a na-ejikarị njikọ ejikọta ahịrị ndị ahụ.

a. Ụnụ rie ji ka anyị rie ede.
b. Aga m aga hụ ya ma ọ bụ ọ bịa hụ m.
c. Ha na-agbasa ka anyị na-abata.
d. Ụmụ ya siri nri tupu ha apụọ.
e. O tiri nnwa ya ihe ma gbaa ya ụkwụ.

**5. Ahịrị nhaukwu (Ahịrị mgbagwo)**
Nke a na-enwe ahịrị nnọrọonwe abụọ na otu ahịrị ndabe.

**Ịma atụ:**

1. O tiri mkpù mana o beghị akwa mgbe a pịara ya ihe.
2. Obi gara ahịa ma gakwa akwụkwọ n'ihi onye nkuzi ya.

Ọ bụrụ na a gbado ụkwụ na mpụtara ahịrị okwu wee kewaa ahịrị okwu, a ga-enwe ụdị ahịrị okwu ndị a:

1. Ahịrị ajụjụ
2. Ahịrị nkwusa
3. Ahịrị nchọ
4. Ahịrị ntimwụ
5. Ahịrị ntị mkpu dg.

**Nnwale Onwe**

- Ginị bụ ahịrịokwu?
- Kedụ ụdị ahịrịokwu anọ e nwere n'asụsụ Igbo?

**3.4 Mmechi**

N'ọmụmụ ihe a, a kọwara ahịrị okwu dị ka ndokọ mkpụrụ okwu n'usoro asụsụ nabatara iji zipụta nghọta dabara adaba. Ọ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche ka a na-edoko ọnụ iji mepụta ahịrị okwu. A kọwara ụdị ahịrị

okwu ndị a: ahịrị mkpụrụ okwu, ahịrị mfe, ahịrị ukwu, ahịrị nha, na ahịrị nhaukwu. E jiri ọmụmaatụ kọwaa nke ọ bụla n'ime ha.

## 3.5 Nchịkọta

Na nkeji a, e lebara anya n'ahịrị okwu na ụdị ya dị iche iche. A kọwara na ọ bụ mkpụrụ okwu dị iche iche ka e ji emebe ahịrị okwu. E jiziri ọmụmaatụ gosi ụdị ahịrị okwu ndị pụtara ìhè n'asụsụ Igbo.

**Ihe Omume Onye Nkụzi ga-amaakị**

1. "Mkpụrụ okwu bụ ntọala ahịrị okwu". Kọwaa ahịrị okwu a nke ọma.
2. Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa ụdị ahịrị okwu anọ doro gị anya.
3. Olee ụdị ahịrị okwu ndị ọzọ e nwere n'Igbo?
4. Chọpụta ụdị ahịrị okwu ndị ọzọ, nye nkọwa, njirimara na ọmụma atụ nke ọ bụla n'ime ha.

## 3.6 Nrụtụaka/Ngụmi

Emenanjọ, N. E. (2005). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria.

Ezeomeke, S. O. (2004). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Enugu: Easy-Quality Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U., Dike, G. A. (2015). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz& Manilas Publishers.

Ụba-Mgbemena, A. (2009). *Ntọala Usoroasụsụ Igbọ*. Ibadan: Pacific Publishers

## 3.7 Azịza Ajụjụ Nnwale Onwe

- Ginị bụ ahịrịokwu?

Ahịrị okwu bụ usoro okwu nwere nghọta zuru oke. O nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa ndị e dokoro n'ezi usoro iji nye nghọta zuru oke.

- Kedụ ụdị ahịrịokwu anọ e nwere n'asụsụ Igbo?

N'asụsụ Igbo e nwere ụdị ahịrị okwu ndị a:

i. Ahịrị mkpụrụ okwu
ii. Ahịrị mfe
iii. Ahịrị nha
iv. Ahịrị nhaukwu